# Akwụkwọ Ozi Jọn

## Nchịkọta Ya



ZANE C. HODGES

**Okwu Mmalite.**

OMENALA OGE OCHIE NA-EKENYE Jọn nwa Zebedi, otu n'ime ndịozi iri na abụọ. Ọ bụ ezie na e mewo mgbalị dị iche iche iji zere echiche bụ́ na onye ji anya ya hụ ihe merenụ dere 1:1-4, mgbalị ndị a ezighị ezi. Nkwupụta nke 4:6 ("Ayi onwe-ayi bu ndi siri na Chineke puta: onye mara Chineke nānu olu-ayi; onye nēsighi na Chineke puta adighi-anu olu-ayi. Ayi sitere na nka mara mọ ezi-okwu ahu, na mọ nduhie ahu") ga-adị mpako, ma ọ dịghị ihe ọzọ, ma ọ bụrụ na ọ bụghị onyeozi dere ya.

N’akwụkwọ nke 2 na nke 3 Jọn, onye dere ya kọwara onwe ya dị ka "Onye Okenye". Aha a bụ ikekwe nanị ụzọ onye edemede ahụ si eji onwe ya eme ihe iji kwuo "onye agadi" ma ọ bụ "nwoke ahụ meworo agadi". N'aka nke ọzọ, o nwere ike ịbụ "ndị okenye" (ma ọ bụ “ndị okenye n’ọgbakọ) abụrụla ihe e ji ama ndịozi. Ọ bụrụ otú ahụ, okwu ahụ dị na Jọn nke 2 na nke 3 nwere ike ịbụ na Jọn na-ekwu na ọ bụ onyeozi.

Ọ bụghị ihe a na-atụghị anya ya na ndị ọkà mmụta na-akatọ Baịbụl agbalịala ikwu na ọ bụ ndị na abụghị ndịozi.dere Oziọma nke Anọ na akwụkwọ ozi ndị a, n'ihi ajọ ebumnobi ndị ọkà mmụta a na-emekarị megide akaebe ndịozi ji anya ha hụ. Ma mgbalị ime ka onye dere oziọma dị iche na onye dere akwụkwọ ozi ya, ọbụna mgbe ụfọdụ ime ka 1 Jọn dị iche na 2 na 3 Jọn, bụ ihe na-egosi nghọta mechiri emechi. O siri ike ịchọta akwụkwọ anọ n'edemede Grik ndị ọzọ bụ́ ndị e dere n'otu ụdị nke na-egosi na ọ sitere n’uche otu onye dịka oziọma na akwụkwọ ozi Jọn si dị. N’ezie, ọbụna onye na-agụ Bekee nwere ike ịhụ nke a.

E kwesịrị iji nkwekọrịta sara mbara e nwere n'oge ochie kpọrọ ihe, bụ́ na ọ bụ Jọn onyeozi dere akwụkwọ ozi atọ a.  A na-akwado nke ọma na Jọn dere akwụkwọ ndị a, ma e nwekwaraghị ihe doro anya nke pụrụ igbochi nkwenye a n'ụzọ kwụ ọtọ.

E nweghị ihe àmà doro anya e nwere n'ime akwụkwọ ndị a banyere ụbọchị e dere Akwụkwọ Ozi Jọn. Ihe ndị dị n'akwụkwọ ozi ndị ahụ na-egosi na e dere ha n’oge nke gosiri na ndị na-agụ ha maara akwụkwọ oziọma Jọn nke ọma.

Oge Oziọma ahụ nwere ike ịbụ tupu afọ 70 AD (N’afọ Onyenwe anyị) ebe ọ bụ na ekwughi mbibi nke ụlọ nsọ na Oziọma ahụ. Okwu ahụ dị na Jọn 5:2

nke bụ́ na "Ma ọdọ-miri ntà di na Jerusalem n'akuku ọnu-uzọ-ama nke aturu," na-egosi na Jeruselem ka dị mgbe e dere Oziọma ahụ. Dị ka Eusebius na Irenaeus si kwuo, ọ bụ n'Efesọs ka Jọn nọ dee Oziọma ya. Ọtụtụ ndị kweere na ọ malitere ije ozi n'ebe ahụ ná ngwụsị afọ ndị 40 ma ọ bụ ná mmalite afọ ndị 50. O yikarịrị ka ụbọchị e dere Oziọma Jọn n'Efesọs (dị ka Irenaeus si kwuo) ga-abụ n'agbata afọ 48 na 52 AD (N'afọ Onyenwe anyị). Ọ dịghị onye maara ogologo oge gafere n'agbata mgbe e dere Oziọma nke Anọ na mgbe e dere Akwụkwọ Ozi a, bụ́ ndị yiri ka hà na-egosikarị ozizi ndị dị n'Oziọma ndị ahụ. Ma ọ pụrụ nnọọ ịbụ afọ ole na ole.

Akwụkwọ Mkpughe bụ akwụkwọ ikpeazụ Jọn dere. Ọ bụ ezie na ọtụtụ ndị kwenyere na e dere Mkpughe n'oge dị n'azụ, e nwere ezigbo ihe kpatara ikwere na e dere ya tupu mbibi ụlọ nsọ n'afọ AD 70 (N'afọ Onyenwe anyị) (lee Mmalite n'Akwụkwọ Mkpughe).

N'ihi ya, enwere ike ịkọwa na e dere akwụkwọ ozi ndị ahụ n'agbata afọ 48 na 70, ma n'ihe metụtara iwebata nkuzi ụgha n'ime chọọchi, na ntụnye aka nke Jọn na ihe ha 'nụrụ site na mmalite' (tulee. 1 Jọn 2:7, 24; 3:11; 2 Jọn 6), afọ 64 - 65 yiri ka ọ̀ ga-aka mma.

Mgbe Jọn dere 1 Jọn, o nwere ike ịbụ na ya na ọtụtụ ndịozi ndị ọzọ alaghachila Jeruselem (tulee ihe ndị e kwuru na 2:19). Jọn amaala nke ọma ọ dịkarịa ala otu n'ime chọọchị ndị ọ na - edegara akwụkwọ ozi nke ọma (Gụọ ihe e dere ná 2 Jọn). Nchegbu o nwere n'ebe ha nọ dị ka nna, nke e ji okwu ahụ ọ kpọrọ ha ugboro ugboro, "ụmụntakịrị m", na-egosikwa na ọ hụrụ onwe ya dịka onye ọzụzụ atụrụ ime mmụọ nye ndị kwere ekwe a.

N'akwụkwọ 1 Jọn, Jọn onyeozi dere n'ihi nchegbu o nwere na a pụrụ ịṅa ụfọdụ ndị ozizi ụgha ntị n'ọgbakọ ma ọ bụ n'ọgbakọ ndị ọ na-agwa okwu. Ebe ọ bụ na ha na-agọnarị na Jizọs bụ Kraịst ahụ bịara n'anụ ahụ (1 Jọn 2:22; 4:3), ozizi ha na-àkàtọ isi ihe ọ pụtara ịbụ onye Kraịst n'eziokwu. Ndị na-agụ akwụkwọ a, ndị bụ Ndị Kraịst n'onwe ha (2:12-14, 21; 5:13), anọghị n'ihe ize ndụ nke Ịtụfu ndụ ebighị ebi - nke a na-apụghị ịla n'iyi - kama ha nọ n'ihe ize ndụ nke ịbụ ndị e mebiri mmekọrịta ha na Chineke n'ụzọ dị njọ.

Ebumnuche nke 1 Jọn bụ mkpakọrịta (1:3), mana Jọn dekwara iji kwado ma kwalite mkpakọrịta a na Chineke n'agbanyeghị njehie mmụta okpukpe. O yiri ka ihe ndị a na-ezighị ezi hà dabeere n'ịgọnarị na Jizọs bụ Kraịst ahụ nke bịara n'anụ ahụ́. Nkwupụta ndị dị na 1 Jọn 5:6-8 na-egosi na enwere ike ịbụ njehie nke kwuru na nwoke ahụ bụ Jizọs na Kraịst nke Chineke bụ mmadụ abụọ dị iche, na Kraịst rịdatara n'elu Jizọs n'oge baptism Ya, ma hapụ Ya tupu ọnwụ

Ya. N'ihi ya, a pụrụ ikwu na Kraist nke Chineke bịara "site na mmiri" ma ọ bụghị site na "ọbara" (lee ntụle nke 5:6).

Ọ bụrụ na nke ahụ bụ eziokwu, ọ ga-apụta na ndị ozizi ụgha ahụ lere akụkụ ụfọdụ nke ahụ mmadụ anya dị ka ihe na-ekwesịghị ekwesị ma ọ bụ ihe na-enweghị isi nye chi. Nke a pụrụ ịgụnye echiche bụ́ na mmadụ na onye dị otú ahụ enweghị ike inwe mmekọrịta ọ bụla, nakwa na ọ bụ nanị mmadụ ahụ bụ́ Jizọs ka ndị mmadụ pụrụ iso na-akpakọrịta. Ọ bụrụ na e mere nkwupụta a, a gọnarịrị ya na 1:2 ebe a na-ekwu na emekwara ka ndụ ahụ pụta ìhè n'anụ ahụ, n'etiti ndịozi, site n'mmekọrịta ha na Ya, "ndu ebighị ebi nke diri n'ebe Nna ayi nọ, ewee me ka ọ putara ayi ìhè" (e tinyere italiks).

Ndị ozizi ụgha ahụ pụkwara ikwubi na onye ji ihe ime mmụọ kpọrọ ihe adịghị eme mmehie n'ezie mgbe o mere omume rụrụ arụ, ebe ọ bụ na ọ dị elu ma ọ bụ dị iche n'ahụmahụ nile nke anụ ahụ. Nchegbu Jọn gosipụtara na iwu nke Onye-nwe anyi kwesịrị ka e jiri ya kpọrọ ihe ga-adị mkpa maka nkuzi ọ bụla dị ka nke a (2:3, 4, 7; 3:23; 4:21; 5:2-3).

Iwu ikpeazụ nke akwụkwọ ozi ahụ dị mkpa karịsịa: "Umu-ntakirim, chenu onwe-unu nche ka unu ghara ikpere arusi" (5:21). Dị ka akwụkwọ ozi ndị ahụ e degaara ọgbakọ asaa ndị dị ná Mkpughe na-egosi, nsogbu nke Ndị Kraịst ikwere omume ikpere arụsị nke ndị ọgọ mmụọ dị nnọọ ukwuu n'ọgbakọ ndị a (Mkpughe 2:14, 20). Omenala dị n'oge ahụ mere ka nkwekọrịta dị otú ahụ bụrụ ihe na-adọrọ mmasị nke ukwuu. Dị ka ihe atụ, ndị na-arụ ọrụ aka nwere ike ịbụ ndị no na otu nzukọ nke nwere chi arụsị pụrụ iche dị ka onye nlekọta ha. A pụrụ inwe nzukọ ndị òtù na-arụ ọrụ aka n'ụlọ arụsị, ememme ndị dị otú ahụ na-enyekarị ohere maka iso ndị akwụna ụlọ arụsị na-akwa iko. Onye Kraịst nke jụrụ ịga nzukọ ndị dị otú ahụ pụrụ ịtụ ụjọ na a ga-achụpụ ya n'òtù ya nakwa ma si otú ahụ tufuo ụzọ o ji akpata ihe o ji ebi ndụ.

N'akwụkwọ Jọn nke Mbụ, e nwere ihe na-egosi na onyeozi Jọn na-alụso echiche na-ezighị ezi ọgụ—echiche na Chineke nwere ma ìhè ma ọchịchịrị n'ime ọdịdị Ya. Dịka ọmụmaatụ, mgbe Jọn dere, "Chineke bụ ìhè, ọchịchịrị adịghịkwa n'ime Ya ma ọlị" (1:5), nkwupụta Grik banyere "ọchịchịrị adịghị" bụ nke siri ike, dị ka okwu Bekee bụ́ "at all" na-atụ aro n'ụzọ ziri ezi. Ọzọ, na 2:29 ebe Jọn dere, "Ọ buru na unu matara na Ọ bu onye ezi omume", ọ na-eji ụdị ọnọdụ Grik nke na-anaghị eche na onye na-agụ na-anabata ozi ahụ dịka eziokwu.

Ọ pụrụ ịbụ na ndị ozizi ụgha kụziri na n'ikpeazụ, ma ezi ihe ma ihe ọjọọ, ma ìhè ma ọchịchịrị, sitere n'aka Chineke n'onwe ya. N'ezie, o yiri ka echiche a

ọ̀ dị n'ihe e kwuru banyere enweghị mmehie nke mmadụ ahụ a mụrụ ọzọ, bụ́ nke dị na 3:6-9.

Jọn na-ekwukwa echiche nke "eziokwu mbụ," ma jiri ahịrịokwu ahụ "site na mmalite" mgbe ọ na-ekwu maka ihe ndị Kraịst mụtara ma ọ bụ kwere (lee 1:1; 2:7, 24; 3:11). Ndị ozizi ụgha ahụ ajụghị Iso Ụzọ Kraịst n'ozuzu ya, ha kọwara akụkọ ihe mere eme na ozizi Ndị Kraịst n'ụzọ dị iche. N'ihi nke a, enwere ike iche na ndị nkuzi ụgha a bụ "ndị na-eweta nkọwa ọhụrụ n'okwu okwukwe" ndị wetara okpukpe Ndị Kraịst ọzọ.

A naghị akpọ ha ndị Nọstik n'ihi na ọ dịghị ihe ndekọ nke akụkọ ifo ndị Gnostic n'Akwụkwọ 1 Jọn (Ma e wezụga eleghị anya ebe na-arụtụ aka na Ken na 3:12.). Ọ ga-ekwe omume ịkọwa ndị ozizi ụgha ahụ dị ka ndị Gnostic oge mbụ, ma ịkpọ ha "ndị na-eweta nkọwa ọhụrụ n'okwu okwukwe" dabara adaba karị. N'agbanyeghị nke ahụ, ha nwere ike ịbụ na ha gosipụtara ụfọdụ echiche ndị mechara bụrụ isi n'okwukwe Gnostic.

O doro anya na ndị nkuzi ụgha ahụ nwere ihe jikọrọ ha na oge ndịozi Kraịst. Nke a bụ ọgụgụ kachasị mma nke 2:19 ebe usoro okwu "ha-anyị-gị" bidoro (lee nkọwa na 2:20). Dị ka o kwesịrị ịdị, ndị ozizi ụgha, bụ́ ndị chọrọ ka a nụ ozizi ha n'ọgbakọ ndị dị n'etiti ndị Jentaịl, ga-azọrọ na ha na chọọchị mbụ dị na Jerusalem nwere njikọ. N'ezie, ndi kwenyere na iwu, bụ́ ndị si Judia bịa Antiọk (Ọrụ 15:1), yiri ka hà kwuru ihe ndị dị otú ahụ, bụ́ nke ndịozi na ndị okenye nọ na Jeruselem nwere nkwagide ịgọnahụ (amaokwu nke 24). Site na 1 Jọn 2:19, mmadụ pụrụ ikwubi ihe yiri nke ahụ ndị na-eweta nkọwa ọhụrụ n'okwu okwukwe bụ́ nke Jọn na-agọ.

### IHE NDỊ E DERE NA 1 JỌN

I. Okwu Mbido: Ọkpụkpọ òkù maka mkpakọrịta (1:1-4)

II. Okwu Mmalite: Ibi ná Mmekọrịta Anyị na Chineke (1:5 - 2:11)

III. Ebumnuche: Guzogide Ndị Na-emegide Kraịst (2:12-27)

IV. Ahụ: Ndụ nke Na-eduga n'Inwe Obi Ike n'Oche Ikpe Kraịst (2:28 - 4:19)

V. Mmechi: Ịmụta Otú E Si Ebi Ndụ n'Irube Isi (4:20 - 5:17)

VI. Okwu mmechi: Ihe Ndị Kraịst ji n'aka (5:18-21)

NKỌWA

I. Okwu Mbido: Ọkpụkpọ òkù maka mkpakọrịta (1:1-4)

Akwụkwọ ozi mbụ Jọn malitere site n'àkáebe ya dị ka onye hụrụ Kraịst anya n'onwe ya, na ihe ndịozi ibe ya hụrụ na Jizọs Kraịst. Jọn kpọrọ ihe ha hụrụ na ihe ha nụrụ ka ihe akaebe iji gosi na ozi ndị ụfọdụ nkuzi na-akọ, ndị a pụrụ ịkpọ 'Ndị na-eweta nkọwa ọhụrụ n'okwu okwukwe,' abụghị eziokwu. Ozi ha ekwekọghị n'eziokwu ndị ahụ e nyere ndịozi na mbụ. Ọ bụrụ na ndị na-agụ akwụkwọ ahụ anakwere nke ọ bụla n'ime ozizi ndị ozizi ụgha a na-akụzi, ọ ga-emebi mmekọrịta ha na ndịozi na Chineke (amaokwu nke 3).

**1:1.** o jiri ụdị okwu na-abụghị ihe a kapịrị ọnụ-**Ihe nke diri site na mbu** bụ nke e mere n'amamihe. N'ebe a, isiokwu ya abụghị Kraịst *n'onwe ya*, kama ọ bụ "ndụ ebighi ebi nke dị n'ebe Nna nọ, nke e mekwara ka ọ pụta ìhè nye anyị" (ahịrị nke 2). Ọ bụ ezie na Jizọs *bụ* "ezi Chineke, na ndu ebighi-ebi" (5:20), onyeozi ahụ chọrọ imesi eziokwu nke ndụ ebighị ebi n'onwe ya ike. Nke a bụ ndụ ndị na-agụ akwụkwọ ya na-ebi. (Gụọ ihe e dere n'ala ala peeji nke 13.)

Jọn na ndị ibe ya bụ́ ndịozi (lee okwu ahụ bụ́ **anyị**) **ihe anyi nuworo, ihe anyi jiworo anya- anyi hu, ihe anyi kiriri, nke aka- anyi datukwara**, ndụ a.

N'ime ngwaa anọ dị n'amaokwu nke 1 ("nuworo, huru, kiriri, datukwara"), abụọ mbụ, nke e kwughachiri na amaokwu nke 3, dị n'asụsụ Grik n'ụdị okwu e mechara, ebe abụọ ikpeazụ, nke a na-ekwughachighị na amaokwu nke 3, dị na aorist. Ngwaa ndị ahụ e ji mee ihe n'oge a na-ekwu okwu na-egosi na ndịozi ahụ nọgidere na-enwe ahụmahụ, ebe ngwaa abụọ ahụ e ji mee ihe n'oge a na-ekwu okwu na-egosi na ọ dịghị otú ahụ.

Ozi ha bụ Gbasara **Okwu nke ndụ**, ma ọ bụ "Gbasara ozi banyere ndụ." Ma ebe ọ bụ na Jizọs Kraịst bụ ndụ ahụ (5:20), mmadụ nwekwara ike ịsị na ọ pụtara "ihe gbasara ozi banyere Ndụ." Jọn na-ede banyere ihe ya na ndịozi ndị ọzọ gbara àmà ya na Jizọs Kraịst, onye bụ ndụ (5:11-12).

**1:2.** Ndịozi ahụ **ahuwo kwa ya** ,e mere ka ndu a **pụta ìhè**, **na-agba àmà** banyere ya, **kọ-kwa-ra** ndị na-agụ ya banyere ya. Naanị nye Ndịozi ka e kpughere ndụ a (**nye anyị**) N'ihi ya , ha dị njikere ịkọrọ ndị ọzọ ihe ha maara banyere ndụ a e mere ka ọ pụta ìhè.

**1:3.** Ihe ndịozi ahụ **hụrụ** ma **nụ** apụghị ịkọcha ya ná ndụ a. Ndi kwere ekwe kwesiri ichere rue mgbe ha no n'iru Onye-nwe anyi ka ha "lee anya" ma obu "metụ Ya aka".

Jọn na-ekwu ugbu a ebumnuche nke akwụkwọ ozi ahụ, ya bụ, mkpakọrịta (*koinōnia* ahụmịhe, ọrụ, ihe onwunwe, wdg).

Ma nke a abụghị ụdị mkpakọrịta nkịtị. Ọ bụ mkpakọrịta nke ndị àmà bụ́ ndịozi. Na mgbakwunye, Jọn na-akpọ ndị na-agụ ya òkù ikere òkè na mkpakọrịta nke ndịozi...na Nna na Ọkpara Ya Jizọs Kraịst. Ọ bụrụ na mmadụ soro Jọn na ndị ibe ya na-akpakọrịta, onye ahụ na-esokwa Chineke na Jizọs na-akpakọrịta.

**1:4**. Jọn na ndịozi ndị ọzọ na-aṅụrị ọṅụ mgbe ndị ha mere ka ha mata Kraịst, ma ọ bụ ndị ha zụlitere n'okwukwe, na-anọgidesi ike n'okwukwe ahụ. Ọ bụrụ na akwụkwọ ozi a nwere ihe ịga nke ọma n'ịgba ndị na-agụ ya ume "ka ihe ahu unu nuru site na mbu digide nime unu." (2:24), ọṅụ nke ndị na-agụ ya ga-ezu ezu.

A na-enweta ezi ọṅụ site n'ịmara Kraịst na Chineke bụ́ Nna site n'aka ndịozi. Chọọchị dị iche iche taa kwesịrị ịkwanyere mkpa ọ dị ịnakwere eziokwu sitere na Chineke, na ịjụ njehie ozizi.

## II. Okwu Mmalite: Ibi ná Mmekọrịta Anyị na Chineke (1:5-2:11)

Ebe ọ bụ na ndị a na-eweta nkọwa ọhụrụ n'okwu okwukwe bụ ihe iyi egwu nye mmekọrịta ndị na-agụ akwụkwọ na Chineke, ọ dị mkpa ikwupụta ụkpụrụ ndị bụ isi maka mmekọrịta dị otú ahụ.

### *A. Ịnọgide n'Ụzọ Ahụ: Ije Ije n'Ìhè Chineke (1:5 - 2:2)*

**1:5.** Ozi ahụ dị mfe ma dị omimi na **Chineke bụ ìhè** dị oké mkpa maka mkpakọrịta nile dị n'etiti Chineke na ihe ndị O kere eke. N'ịbụ onye na-enweghị ntụpọ ọ bụla n'omume, ọ dịghị ihe ọ bụla metụtara omume rụrụ arụ na-emetụta ìhè Ya, **ọ dịghịkwa ọchịchịrị ọ bụla dị n'ime Ya ma ọlị.**

Nkwupụta nke ikpeazụ a dị ike n'asụsụ Grik (ọchịchịrị adịghị n'ime Ya - ọ dịghị ma ọlị) ndi na-eweta nkọwa ọhụrụ n'okwu okwukwe nwere ike ikwu na ọchịchịrị dị na Ebe Onye-nwe anyị nọ. N'ọnọdụ okpukpe nke narị afọ mbụ, echiche ndị ọgọ mmụọ banyere chi pụrụ imetụta ụfọdụ ndị ịkụzị mkpughe nke Chineke bụ́ nke na-ekwekọghị na Bible. Ọ pụrụ ịbụ na ndị jụrụ okwukwe ahụ chere na O nwere ọdịdị nke gụnyere ma *ìhè* ma *ọchịchịrị*. Ọ bụrụ na ndị na-eweta nkọwa ọhụrụ n'okwu okwukwe nwere echiche dị otú ahụ banyere Chineke, ha pụrụ ịrụ ụka na ọdịiche ndị e nwere n'omume adịghị irè. Ọ dị oké mkpa ka ndị na-agụ akwụkwọ ozi a ghara inwe nghọtahie banyere nke a. Chineke dị *nnọọ* nsọ.

**1:6** Okwu ahụ **anyị** gụnyere ma ndịozi ahụ *na* ndị na-ege ha ntị bụ́ Ndị Kraịst. Onye kwere ekwe nke na-eje ije ná mmehie enweela nkewa site n'ịhụnanya Chineke bụ onye dị nsọ. Ọ bụrụ na onye dị otu a zọrọ na ya na Chineke ka nwere **mmekọrịta**, ọ na-agha ụgha. Ndị kwere ekwe na-eme mmehie enweghi *mmekọrịta* dị n'etiti ha na Ya

Nkebi ahịrịokwu ahụ **na-eme kwa ezi-okwu** (N'asụsụ sara mbara, "ime eziokwu") pụtara "ime ihe kwekọrọ n'eziokwu." Ịzọ na anyị na Chineke nwere *mmekọrịta* mgbe anyị na-eje ije *n'ọchịchịrị* bụ ime ihe megidere eziokwu banyere ịdị nsọ Chineke.

**1:7.** Kama ịga ije n'ọchịchịrị, ndị kwere ekwe kwesịrị **ịga ije n'ìhè**, nke ahụ bụ, ibi n'ihu Chineke, Ịghọta onye ọ bụ n'eziokwu, na "ịga ije n'ọchịchịrị" (amaokwu nke 6) bụ izochi onwe n'ebe Chineke nọ na ịjụ ịnakwere ihe a maara banyere Ya. Onye kwere ekwe ọ bụla nke chọrọ iso Onyenwe anyị na-akpakọrịta n'ezie aghaghị ime ka obi ya ghere oghe n'ebe Ọ nọ ma dị njikere iji obi eziokwu zaghachi ihe ọ bụla O kpughere ya.

Nsonaazụ nke ịga ije *n'ìhè* bụ na ndị kwere ekwe **na-enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha**. Nke ahụ bụ, ha na Chineke na-enwe mmekọrịta, Ya onwe ya na ha na-enwekwa mmekọrịta. N'agbanyeghị na ndị Kraịst ka bụ ndị mmehie, ka anyị na-aga ije *n'ìhè*, **ọbara Jizọs, bú Ọkpara-Ya, nāsachapu kwa ayi nmehie nile**.ka ha wee nwee ike ịnọgide na-enwe mmekọrịta ahụ.

N'eziokwu, Emeela ka ndị Kraịst niile dị ọcha (tulee 1 Kọr. 6:11) ma nwee mgbaghara mmehie zuru oke n'ime Kraịst (tụlee Efes. 1:7). Ya mere, e nwekwara Ịsacha [mmehie] na-aga n'ihu nke dabere n'**ọbara** Kraịst bụ́ nke na-enyere ụmụ na-ezughị okè aka inwe ezi ahụmahụ nke iso Nna nke eluigwe dị nsọ zuru oke na-emekọ ihe.

**1:8.** N'oge ọ bụla, mmadụ enweghị ike ikwu n'ụzọ ziri ezi na ya **enweghi nmehie**,. Onye ọ bụla kwuru ụdị ihe ahụ n'ēduhie onwe-ya.

Okwu ndị ahụ **ezi-okwu ahu adighi kwa nime ayi** apụtaghị na a zọpụtaghị onye a na-ekwu maka ya. Onyeozi ahụ nọgidere na-eji nnọchiaha nke onye mbụ eme ihe, **anyị** na **anyị**, dị nnọọ ka o mere site n'amaokwu nke 5 gaa n'ihu. Ọ bụrụ na *eziokwu ahụ* emetụta ndị kwere ekwe n'ụzọ kwesịrị ekwesị, ha agaghị adaba n'ọnyà a. Ọ bụrụ na ha adaba na ya, *ezi-okwu ahu adighi kwa nime ayi* dị ka ikike na-arụ ọrụ ma na-achịkwa nke na-akpụzi echiche na omume ha.

**1:9.** Ọ bụrụhaala na ndị kwere ekwe na-eje ije n'ìhè ahụ, ha nọ n'ọnọdụ nke ịbụ ndị a *ga-egosi* ọdịda ha. Mgbe nke ahụ mere, ha kwesịrị **ikwupụta** ha. E jighị okwu ahụ bụ́ *nchegharị* mee ihe n'ebe a ma ọ bụ n'ebe ọ bụla ọzọ n'akwụkwọ ozi ahụ. Dị ka Jọn si lee ya anya, nchegharị Ndị Kraịst bụ ihe ziri

ezi mgbe onye kwere ekwe nọgidere na-eme mmehie ma nwee mkpa ịgbanwe (lee Mkpu. 2:5, 16, 21, 22; 3:3, 19). Na 1 Jọn 1:9, Jọn na-ekwu banyere ndị *chọpụtara* mmehie mgbe ha na Chineke ka nọ, ọ bụghị ndị kpafuru akpafu. Ndị na-ege ntị na 1 Jọn kwụsiri ike n'ụzọ ime mmụọ ma ha enweghị ihe ọ bụla ha ga-echeghar̄ị na ya (lee 2:12-14, 21). Ọrụ ha bụ "ịnọgide" n'ime Kraịst na eziokwu Ya (lee 2:24, 28).

Ịkwupụta mmehie na-enyere ndị kwere ekwe aka nọgide na mmekọrịta [ha na Chineke]. E deghị 1 Jọn 1:9 maka ndị a na-azọpụtaghị. Ọ dịghị ebe ọ bụla n'akwụkwọ ndị Jọn dere e kwuru na mmadụ ikwupụta mmehie ya bụ ọnọdụ e nyere maka inweta ndụ ebighị ebi. Okwukwe bụ naanị ọnọdụ maka nzọpụta (tulee. Jọn 3:16; 5:24; 6:47; 1 Jọn 5:1, 12, 13)

Ọ bụrụ na ndị kwere ekwe agọnahụ ihe ìhè ahụ gosiri ha, ha akwụsịla ịbụ ndị na-eme ihe n'eziokwu na ndị na-emeghe n'ihu Chineke, mkpakọrịta ha [na chineke] ga-akwụsịkwa. Ma **Ọ buru na ayi ekwuputa** (*homologeō*, "ekwenye, kweta, ime nkwenye ) **mmehie anyị** nke ìhè ahụ na-ekpughe, ha pụrụ ịdabere n'ebe Chineke nọ, bụ́ Onye **kwesiri ntukwasi-obi, buru kwa Onye ezi omume** ịgbaghara anyị mmehie anyị. Mgbe ahụ, mkpakọrịta ahụ ga na-aga n'ihu. Okwu ahụ bụ́ *(dikaios)* pụtara "ezi omume". N'ihi ọbara Kraịst a wụsịrị (amaokwu nke 7), a dịghị emebi ezi omume Chineke mgbe Ọ na-agbaghara mmehie.

NKJV tinyere *anyị* nke abụọ n'ụdị italic ebe ọ dịghị ihe dị n'asụsụ Grik nke kwekọrọ na ya kpọmkwem. Mmadụ nwere ike ịtụgharị ya dịka "ịgbaghara anyị *mmehie*," na ihe ọ pụtara bụ "mmehie ndị *anyị kwupụtara*." Ma kedu maka mmehie ndị kwere ekwe *na-amaghị* banyere ha? Okwu ndị a na-ekpuchi ha, ma na **sachapu kwa ayi ajọ omume nile.** Ya mere, mgbe ọ bụla onye kwere ekwe mere nkwupụta–n'eziokwu na-ekweta ihe ọ ma na ọ dị njọ–N'agbanyeghị mmehie ọ bụla ọzọ nwere ike ịdị n'ndụ ya, a sachapụla ya kpamkpam. A sachapụla ihe niile.

**1:10**. Mgbe ekpughere mmehie, ndị kwere ekwe na-ekwupụta ya ma ọ bụ na-ekwu **ọ dighi mḅe ọ bula ayi mehiere**. Ọ bụrụ na ha ahọrọ nke ikpeazụ, ha **nēme Ya onye-ugha** site n'ịgọnahụ akaebe nke **okwu Ya**, ma n'ezie, na-ebo Chineke ebubo ụgha.

Ọ bụ ihe na-ekwesịghị ekwesị n'ebe a iwere okwu bụ́ na *ọ dighi mḅe ọ bula ayi mehiere* dị ka ịgọnahụ *kpam kpam* na anyị emehiewo *mgbe ọ bụla ma ọ bụ n'oge ọ bụla.* Ọ bụrụgodị mgbe Mmadụ na Chineke nwere mmekọrịta, Ọ ka nwere mkpa ka a sachaa ya (amaokwu nke 7). Ọ bụrụ na ọ jụ eziokwu ahụ, ọ n'ēduhie onwe ya (amaokwu nke 8). Ọ bụrụ na o kwupụta mmehie ọ bụla ìhè ahụ gosiri ya, ana gbaghara ya (amaokwu nke 9). Ma ọ bụrụ na ọ gọnarị ihe ìhè

ahụ na-egosi, ọ na-eme Chineke onye ụgha, nke na-egosi na ya na Chineke enweghị mmekọrịta (amaokwu nke 6), onye bụ Ìhè (amaokwu nke 5).

**2:1**. Onyeozi ahụ abanyela ugbu a na nkọwa. Enwere ike ịghọta okwu ya n'ụzọ na-ezighi ezi dị ka ihe na-akụda mmụọ onye kwere ekwe iguzogide mmehie. Ma nke a abụghị nzube ya. O ji obiọma na-agwa ndị na-agụ akwụkwọ ya okwu dị ka **Umu-ntakirim**. Na ndị na-agụ ya bụ ezi Ndị Kraịst, ọ dịghị ebe ọ bụla o nwere obi abụọ n'akwụkwọ ozi ya (tulee. 2:12-14). Ọ chọghị ka ụmụ ime mmụọ ya ghọtahie nzube ya n'idegara ha **ihe ndia** a. *Ihe ndia* (ya bụ, 1:5-10) iji kwado mmehie ma ọ bụ kwalite ya. Kama e dere ha **ka unu we ghara imehie**.

Ọ bụ ezie na e kwesịrị izere mmehie nke ọma, ọ pụrụ ime, ọ na-emekwa ná ndụ ndị kwere ekwe. N'ihi ya Jọn gbakwụnyere, **Ọ buru kwa na onye ọ bula emehie, ayi nwere otù Onye nēkwu ọnu ayi n'ebe Nna-ayi nọ, Ya bu Jizọs Kraist**. Dịka *Onye nēkwu ọnu* ayi, Jizọs anaghị arịọ Chineke ka o debe anyị dị ka ndị "azọpụtara". Ọtụtụ nkwa e kwere n'Oziọma Jọn nke na-ekwe nkwa nchekwa nke onye kwere ekwe na-emegide echiche dị otú ahụ. Ebe ọ bụ na nkwa Jizọs bụ eziokwu na onye kwere ekwe nwere nchekwa ebighi ebi, ọ dịghị mkpa ka Ọkpara ahụ rịọ Nna ya ka ọ ghara ịchụpụ ndị kwere ekwe na-eme mmehie.

Dịka *Onye nēkwu ọnu* ha, Jizọs na-arịọchitere ndị kwere ekwe n'ekpere nye Nna ka okwukwe ha "ghara ịda mba (tulee. Luk 22:31-33) Agbanyeghị na "nchèghari adighi n'onyinye-amara nile na ọkpukpọ nke Chineke" (Ndị Rom 11:29), n'agbanyeghị, okwukwe nke na-eme ka onyinye ndị ahụ bụrụ nke ya pụrụ ịda ada. (tulee. 2 Tim 2:18). Kraịst na-arịọchitere ndị kwere ekwe arịrịọ ka nke a wee ghara ime.

**2:2.** Jizọs bụkwa **ihe ijuru Chineke obi bayere nmehie nile ayi.** Ọ nwere ike ịrịọchitere ndị kwere ekwe n'ihu Chineke n'ihi na O meela ka Chineke nwee afọ ojuju *maka mmehie anyị*. N'agbanyeghi ihe mmehie mmadụ nwere ike ịbụ, Kraịst emeela ka afọ ju ya. N'ezie, dị ka *ihe ijuru Chineke obi* bayere nmehie, *ihe ijuru Chineke obi* a na-ekpuchi mmehie nke ihe nile a kpọrọ mmadụ, (**nke ụwa dum**).

Arụmụka ahụ bụ́ na ọ bụrụ na Kraịst kwụrụ ụgwọ mmehie nile nke ihe a kpọrọ mmadụ, a ga-azọpụta mmadụ nile bụ echiche hiere ụzọ. Mwepụ nke mmehie dị ka ihe mgbochi nye amara nzọpụta Chineke anaghị eweta ịmụ ọzọ site n'Mmụọ na ndụ ebighị ebi. Onye mmehie na anọgide n'ọnwụ ma bụrụ "onye e kewapụrụ na ndụ nke Chineke" (Ndị Efesọs 4:18). N'ikpe ikpe ikpeazụ nke ndị furu efu (Mkpu 20:11-15), a naghị ele mmehie anya *dị ka mmehie*.

Kama nke ahụ, a na-ekpe ndị mmadụ ikpe dịka ọrụ ha si dị (Mkpu 20:12) iji gosi onye ọ bụla na ọrụ ha anaghị enye ha ikike nzọpụta Chineke.

*B. Inweta ebumnobi: Ịmara Chineke nke Ìhè (2:3-11)*

**2:3.** A pụrụ ịnwale onye ọ bụla nke na-azọrọ na ya enwetawo ihe ọmụma onwe onye banyere Chineke ozugbo site n'ịhụ ma ọ̀ na-edebe **iwu Ya**. Okwu ahụ bụ **Ya** nwere ike izo aka ma ọ bụ Chineke ma ọ bụ Kraịst, ma ọ bụkwanụ ya abụrụ na e bu n'uche ka a ghara ịghọta ihe ọ pụtara, ebe ọ bụ na Jọn weere ha abụọ dị ka Otu.

A na-ejikarị amaokwu a eme ihe dị ka ụzọ isi mata ma *a zọpụtara* mmadụ n'ezie. Nkọwa a na-enyekarị bụ na ọ bụ ezie na nzọpụta bụ site n'okwukwe, mmadụ apụghị ịmata ma okwukwe ya ọ̀ bụ nke ezigbo ya ma ọ bụrụ na o debeghị *iwu Ya.* Ma echiche ahụ ekwekọghị n'ozizi okpukpe nke Jọn na n'ọtụtụ ụzọ.

Nke mbụ, a na-azọpụta mmadụ site n'ikwere na Kraịst maka ndụ ebighi ebi (Jọn 3:16; 5:24; 6:35; wdg). Nke abụọ, na Onye Kraịst nwere ike ikwere na Kraịst, n'amaghị ma ò kwere *n'ezie,* bụ ihe na-enweghị isi. Mgbe Jisos juru Mata ma o kwere, odighi onye n'ime ha abuo nwere echiche nke ichere ma hu (Jọn 11:25-26). Azịza Mata, nke Jizọs nabatara, bụ nkwenye siri ike nke okwukwe ya (amaokwu 27). Ebe ọ bụ na ikwere bụ okwukwe na ihe bụ eziokwu; ya mere, mgbe anyi kwenyere, anyi maara na anyi ekwenyela.

Jọn nke Mbụ 2:3 abụghị maka ịmara Kraịst maka *nzọpụta*, kama ọ bụ maka ịmara Ya site na *mkpakọrịta* na nrubeisi. Ọ bụ ezie na ọ bụ eziokwu na ndị niile kwere ekwe maara Chineke na Kraịst na ọkwa dị mkpa, Ọ bụghị ndị kwere ekwe niile maara ha n'ọkwa nke ịdị n'otu na mmekọrịta (lee mmekọrịta dị n'etiti Filip na Jizọs na Jọn 14: 7-9). Jọn nke Mbụ 2:3 anaghị ezo aka n'ịmara Chineke, kama ọ na-ezo aka n'ihe ọmụma Chineke nke a na-enweta site *n'ahụmahụ.*

Dị nnọọ ka mmadụ ikwu na ya na Chineke dị ná mma bụ ụgha ma ọ bụrụ na onye kwere ekwe "nējeghari n'ọchichiri" otú a ka ndụ nke nnupụisi na-eme ka nkwuwa okwu ọ bụla banyere ịmara **Ya** nke ọma bụrụ ụgha.

**2:4**. Ma mmadụ nwere ike ikwu na ọ maara, n'agbanyeghị na ọnweghị nrubeisi na-esochi ya. N'ọnọdụ dị otu a, onye na-eme nkwupụta ahụ **bu onye-ugha, ezi-okwu adighi kwa nime onye ya** dị ka ike na-achịkwa ndụ ya (lee nkọwa banyere 1:8). Ọ bụrụ na mmadụ adịghị erube isi n'iwu Chineke, ọ

dịghị onye pụrụ ikwu n'ụzọ ziri ezi na ya maara Nna ahụ na Ọkpara ahụ nke ọma.

N'ebe a, dị ka ọ dị n'amaokwu nke 3, a pụrụ ịsụgharị okwu ndị ahụ bụ́ **Amawom Ya** ịbụ *M bịara ịmata Ya*. N'ọnụ ndị na-agbanwe eziokwu, nkwupụta a pụrụ ịpụta inweta ihe ọmụma banyere Chineke nke ndị na-agụ akwụkwọ ha na-enweghị nakwa nke ndị na-agbanwe eziokwu kwuru na ha ga-enye.

**2:5**. N'adịghị ka okwu ụgha ahụ a tụlere n'amaokwu nke 4, onyeozi ahụ kwuru ugbu a na onye **nēdebe** (na-echebe) **okwu Ya** na-enwe ahụmahụ pụrụ iche nke **ịhụnanya Chineke**. Ịhụnanya maka Kraịst na nrubeisi nye *okwu Ya* abụghị n'ụzọ ọ bụla ule nke okwukwe na-azọpụta ndụ, n'agbanyeghị na ọtụtụ ndị na-azọrọ na ha bụ. Kama nke ahụ, ha bụ ule nke ịbụ ezigbo onye na-eso ụzọ Jizọs nke sitere n'obi.

**Ịhụnanya Chineke zuru oke n'ime** Ndị Kraịst na-erube isi. Okwu Grik a sụgharịrị dị ka *zuru oke (teteleiotai)* na-enye echiche nke "ime ka o zuo ezuo," ime ka o ruo ebumnobi ya, ma ọ bụ "ime ka ọ ruo oke zuru ezu." Ihunanya Chineke nwere n'ebe onye kwere ekwe nọ bu ihe di ebube n'oge nzoputa (lee 3:1), mana ebum n'obi ya erughi eru, rue mgbe onye kwere ekwe ji nrube isi weghachite ihunanya ahu, nke n'eme ka o mara ihunanya nke Nna na Okpara dika ha "nēme kwa ebe-obibi-[ha] n'ebe ọ nọ" (Jọn 14:23).

Okwu ahụ **n'ime Ya** *(en autō)* adịghị ka echiche Pọl nke ịdị "nime Kraịst" *(en Christō).* N'ihi ozizi Kraịst dị na Jọn 13–17 (karịsịa 15:1-8), okwu ndị ahụ *n'ime Ya* na-ezo aka na mmekọrịta Onye Ozizi/Onye na-eso ụzọ "na-anọgide".

**2:6**. A pụrụ ịchọpụta na mmadụ **nānọgide nime** Kraịst naanị site n'ibi ndụ yiri nke Kraịst. Okwu Grik *menō* ("ịnọgide," "ibi," "ịdị ndụ")–ọdịdị mbụ ya na 1 Jọn–na-akọwa ndụ ịbụ onye na-eso ụzọ (tulee. Jọn 15:4-7). Okwu ndị dị na 1 Jọn 2:5 banyere ịdị "n'ime Ya" yiri echiche nke "ịnọgide" n'ime Ya. Amaokwu ole na ole na-esote na-akọwa otú e si eme nke a.

**2:7**. ***Iwu*** **ochie** ahụ bụ nke ndị kwere ekwe **nwere site ná mmalite** nke ahụmahụ ha dị ka Ndị Kraịst. *Iwu ochie* ahụ bụ nke Jizọs kwuru ọtụtụ afọ gara aga na Jọn 13:34: "Iwu ọhu M'nēnye unu, ka unu hurita ibe-unu n'anya; dika M'huru unu n'anya, ka unu onwe-unu hurita kwa ibe-unu n'anya."

*Iwu* "ọhụrụ" a a na-agaghị echefu echefu bụzi nke *ochie* nye ndị na-agụ akwụkwọ Jọn n'ihi na ha natara ya *site ná mmalite*, ya bụ, n'oge mbụ nke ndụ Ndị Kraịst ha. Nke a bụ naanị nghọta ziri ezi e nwere maka nkebi ahịrịokwu okwu ahụ *site na mmalite*. E nwere njikọ doro anya dị n'etiti 1:1 na 2:7, ebe ọ bụ na Jọn na-ekwu okwu n'akwụkwọ ozi a banyere eziokwu mbụ nke Iso Ụzọ Kraịst n'ụzọ dị iche na "eziokwu ọhụrụ" adịgboroja nke ndị na-eweta nkọwa

ọhụrụ n’okwu okwukwe na-akụzi. Ikekwe ndị a na-eweta nkọwa ọhụrụ n’okwu okwukwe n'oge Jọn tụgharịrị ihe iwu ahụ e nyere ka ha hụrịta ibe ha n'anya pụtara. Jọn agaghị ekwe ka nke a mee. **Iwu ochie ahụ** ka nwere otu ihe ọ pụtara dị ka ọ dị na mbụ.

**2:8**. Site n'echiche ọzọ (**Ọzọ**), Iwu ahu Jọn kwuru maka ya n'amaokwu nke 7 dịka “ochie” enwere ike ịkpọ ya “**Iwu ọhụrụ**.” Nke a bụ n'ihi na o so n'ọgbọ ọhụrụ nke na-abịanụ.

**Na-agabiga** *(paragō)* na-apụta na 1 Jọn naanị ebe a na amaokwu 17 (tulee. 1 Kọr 7:31). Ebe ọ bụ na ụwa na-eme ihe megidere omume ọma nke Chineke Nna (1 Jọn 2:15-17), ọchịchịrị na-akọwa ọnọdụ omume ya. N'ihi ya, onyeozi ahụ na-ekwupụta na ọnọdụ omume "ochie" nke ụwa bụ nwa oge. Ihe “ọhụrụ" nke ga-anọchi ya, **ezi ìhè ahu nāmu kwa ubụ a.** E kpughere ya n'ụzọ zuru oke n'ịhụnanya Kraịst nwere n'ebe ụwa nọ (Jọn 3:16), a na-ekpughekwa ya n'ịhụnanya Ndị Kraịst nwere n'ebe ibe ha nọ. Ụbọchị ga-abịa mgbe ịhụnanya a ga-enwu gbaa n'enweghị ihe mgbochi (2 Pita 3:13).

**2:9.** Ikwu na amaokwu a na-ezo aka naanị ná ndị "na-ekwupụta" na ha bụ ndị kwere ekwe' enweghị ihe akaebe. Ọ bụrụ na Jọn nọ na-eche banyere Onye Kraịst a na-azọpụtaghị (ma na-azọrọ na ya bụ) Onye Kraịst ịkpọ ezi Onye Kraịst asị, ọ garaghị ede, sị: **Onye na-asị na ya nọ n'ìhè ahụ, ma kpọọ nwanna ya asị**, n'ihi na okwu *ya* ga-abụ okwu nduhie. Ụzọ ziri ezi isi kwuo nke ahụ ga-abụ, "Onye kpọrọ nwanna ya asị" (ya bụ, onye kpọrọ Onye Kraịst asị).

N'ebe a, isiokwu ya bụ iwu Onyenwe anyị nyere ka anyị 'hụrịta ibe anyị n'anya' (tulee Jọn 13:34). Jọn bu n'uche ịhụnanya nke ndị Kraịst nwere n'ebe ndị Kraịst ibe ha nọ (tulee karịsịa. 4:20–5:1). N'ihi ya, a ghaghị ịghọta okwu ahụ bụ́ *nwanna* n'ụzọ Ndị Kraịst si aghọta ya.

Onyeozi ahụ kwetara eziokwu dị mwute na ụfọdụ ndị kwere ekwe nwere mmetụta nke iro na iwe iwe n'ebe ndị kwere ekwe ndị ọzọ nọ. Ọnọdụ omume nke Onye Kraịst dị otú ahụ dị njọ. Nkwupụta nke onye dị otú ahụ na-ekwu na ya na-eje ije n'ìhè na mmekọrịta ya na Chineke bụ nke a gbaghaara site n'ịkpọ onye Kraịst ibe ya asị. **Ọ nọ n'ọchịchịrị ruo ugbu a.**

**2:10.** N'ụzọ dị iche, Onye Kraịst **nāhu nwa-nna-ya n'anya** anọghị nanị "**n'ìhè ahụ**", kama **nānọgide** n'ìhè ahu. Site n'ịhụ Chineke na ndị ọzọ n'anya dị ka Kraịst mere, ọ na-eje ije "dị ka O jere" (amaokwu nke 6).

Onye na-ebi ndụ n'ụzọ dị otú a bụkwa onye na-**ọ dighi ihe nēme ka ọ ma n'onyà** (*skandalon*, "ọnyà" ọ bụla nke na-ejide mmadụ ná mmehie). Ọ dịghị ọnyà dị otú ahụ n'ime *onye hụrụ nwanna ya n'anya.*

Nke a apụtaghị na onye a enweghị mmehie (lee 1:8), Kama, n'ịga ije dị ka Kraịst si je, Ọ naghị ekwe ka obi ya ma ọ bụ mmụọ ya bụrụ ọnọdụ nke nwere ike iduga ya n'ime mmehie.

**2:11**. Onye Kraịst nke kpọrọ onye kwere ekwe ibe ya asị efunahụla njikọ ya na "ezi ìhè ahu" (amaokwu nke 8), bụ́ nke na-egosipụta àgwà ịhụnanya nke Chineke. Ọ nakweerekwala "ọchịchịrị" nke "na-agabiga agabiga" (amaokwu nke 8). Ọ na-aghọ ngwá ọrụ dị n'aka Setan, na-akpata nkewa n'ime chọọchị. Dị ka Jọn si kwuo, **nējeghari kwa nime ọchichiri ahu, ọ mataghi kwa ebe ọ nāga**

III. Ebumnuche: Guzogide Ndị Na-emegide Kraịst (2:12-27)

*A. Site n'Ịmata Akụ̀ Ime Mmụọ Gị (2:12-14)*

Amaokwu nke 12-14 na-ekpughe n'ụzọ doro anya na Jọn eleghị ndị na-agụ akwụkwọ ya anya dị ka "ndị ozizi ụgha". Ile akwụkwọ ozi a anya dị ka nke na-ewepụta "nnwale" nke a ga-eji chọpụta ezi nzọpụta mmadụ bụ ighọtahie akwụkwọ ozi ahụ.

**2:12.** Eziokwu ahụ bụ na ndị na-agụ akwụkwọ ahụ enwetawo mgbaghara nke **mmehie** na-egosi ha dị ka **Umu-[ntakiri]** nke Nna ha nke eluigwe (lee amaokwu 13). E nyewo mgbaghara mmehie a **n'ihi aha Ya** (N'asụsụ sara mbara, "n'ihi aha Ya"). Nke ahụ bụ, mgbaghara ha dabeere n'ịdị irè nke aha Kraịst.

Dika agahu na amaokwu 25- 26, ọ dị ka ndị a na-agbanwe eziokwu na-agbagha ma azọpụtara ndị na-agụ akwụkwọ a n'ezie. Ma tupu mgbe ahụ, Jọn mere ka o doo anya na a gbagharala ha mmehie ha n'ezie (tulee 1:5–2:2).

**2:13.** Site n'ịkpọ ndị na-agụ akwụkwọ ya **nna**, Jọn na-echetara ha ihe o ka dere banyere ịmara Chineke (amaokwu nke 3-11). N'ihi nkwupụta ndị a hụrụ n'amaokwu nke 3-4, nkwupụta ahụ bụ na ndị na-agụ akwụkwọ ahụ **amawo** Chineke na-egosi na ha eruwo ọkwa ebe ha na-*edebe* ihe ndị Onyenwe anyị nyere n'iwu.

Okwu ahụ bụ́ **Onye ahu *Nke* di site na mbu** pụrụ izo aka ma ọ bụ n'ebe Chineke nọ ma ọ bụ n'ebe Kraịst nọ. N'ebe a, a na-ewere okwu *site na mbu* dị ka ihe na-ezo aka n'ịdị ebighị ebi nke Onye ahụ ndị na-agụ ya maara. Okwu ahụ *ndi bu nna* na-egosipụta ahụmahụ miri emi na nke tozuru okè n'ebe Chineke nke na-adịru mgbe ebighị ebi nọ.

Ma ndị na-agụ ya bụkwa **ụmụ okorobịa** [bụ́ ndị] **meriri ajọ onye ahụ** (Setan). Aha ahụ bụ́ *ụmụ okorobịa* na-esochi *nna* n'ihi na ahụmahụ ndị na-agụ akwụkwọ ahụ nwere dị ka *ụmụntakịrị* (mgbaghara nke mmehie) na dị ka *ndị nna* (amamihe banyere Chineke) na-eme ka ha bụrụ *ụmụ okorobịa* dị ike, ndị dị njikere ịlụso Setan ọgụ.

N'ezie, **ụmụ okorobịa** ndị **a emeriworị** Setan. Ngwaa Grik ahụ (oge zuru okè, *nenikēkate*) na-enye echiche nke mmeri e nwere n'oge gara aga, bụ́ nke mkpụrụ ya ka dịgidere. Ma eleghị anya, Jọn na-eche banyere okwukwe ndị na-agụ akwụkwọ ya nwere n'ebe Jizọs nọ.

Dị ka **ụmụntakịrị** (*paidion*, kama ịbụ *teknion* [amaokwu 12]) ndị na-agụ akwụkwọ a achọpụtala ihe karịrị naanị na a gbagharala ha mmehie ha. Ndị nile kweere na Kraịst enwetawo mgbaghara mmehie dị ka akụkụ nke nzọpụta ha. Ọbụna n'ụbọchị mbụ ha dị ka *ụmụntakịrị* n'ezinụlọ Chineke, ha na-enweta "mgbaghara ezinụlọ" ka ha na-ekwupụtara Chineke mmehie ha (lee 1:9). Dị nnọọ ka a na-apụghị ikwu na nwa ọhụrụ na-amata nne na nna ya, otú ahụ ka ọ dịkwa n'ógbè ime mmụọ. Ịmata **Nna ahụ** na-achọ oge n'okwukwe na uto ime mmụọ.

Echiche nke "ịbịaru ịmata" Chineke dị n'ụdị okwu Grik zurụ oke, si otú a na-egosipụta ọnọdụ na-esite na ihe a rụzuru n'oge gara aga. N'ọnọdụ ọ bụla Jọn ji ụdị okwu a mee ihe, ntụgharị kwesịrị ekwesị ga-abụ *ịbịaru ịmata*. N'akwụkwọ a nke abụọ e zoro aka na *ụmụntakịrị*, a na-egosi ọganihu karịrị ịbụ naanị nwa ọhụrụ.

**2:14.** N'ebe ndị na-agụ akwụkwọ a ka a na-ele anya dị ka ndị **nna**, Jọn kpebiri ịghara ikwu ihe ọzọ karịa ihe o kwuworo. Ò nwere ihe ga-eme anyị obi ụtọ karịa ịmara **Onye ahu *nke* di site na mbu**? Ihe ha ma banyere Chineke zuru oke. Ihe ịrụ ụka adịghị ya na ndị ahụ na-agbanwe eziokwu chere na ọ bụghị otú ahụ.

Dịka **ụmụ okorobịa** ndị **okwu Chineke bi n'ime ha**, ndị na-ege Jọn ntị dị njikere maka ọgụ, ebe ọ bụ na azịza nke ekpere dịịrị ha (lee 3:22; 5:14-15)

*B. Site n'Ịmata Ndị Iro Ime Mmụọ Gị (2:15-27)*

1. Iguzogide Ụwa (2:15-17)

**2:15. Ụwa**-bụ usoro omume na nke ime mmụọ e mere iji dọpụ mmadụ n'ebe Chineke dị ndụ nọ - na-adọrọ mmasị nke ukwuu (lee amaokwu nke 16), ọ dịghịkwa Onye Kraịst, n'agbanyeghị otú o si dị elu, nwere onwe ya kpamkpam pụọ n'ọnwụnwa nke ihe ụtọ ya.

Ọ bụrụ na Onye Kraịst **ahụ ụwa ma ọ bụ ihe ndị dị n'ụwa n'anya**, *ọ hụghị* Chineke n'anya. Jọn *adịghị* ekwu na Chineke ahụghị ndị hụrụ ụwa n'anya n'anya, kama na ịhụnanya Chineke adịghị arụ ọrụ **n'ime** na site n'aka ndị hụrụ ụwa n'anya. Ọ gaghị ekwe omume ịhụ ma ụwa ma Chineke n'anya n'otu oge ahụ.

**2:16**. A pụrụ ịchịkọta **ihe nile dị n'ụwa** n'okpuru ụzọ atọ onye ozi ahụ kpọrọ aha n'ebe a. N'ozuzu ha, ha na-achịkọta ihe ụtọ nile nke ọnwụnwa nke uwa a na-adịghị asọpụrụ Chineke.

Nke mbụ bụ **agu ihe ọjọ nke anu-aru**, ya bụ, ihe ọ bụla na-ezighị ezi mmadụ na-eme nke na-amasị obi mmehie ndị mmadụ. Ihe ndị a bụ ihe anụ ahụ́ na-achọsi ike, dịka ọdịmma mmekọahụ na-ezighị ezi ma ọ bụ ọgwụ ọjọọ na-eme ka mmadụ daa n'ime mmehie.

Akụkụ nke abụọ nke **ụwa bụ agụụ ihe ọjọọ nke anya,** ya bụ, Ihe ọ bụla a na-ahụ anya nke na-adọrọ mmasị bu nke na-ekwesịghị ekwesị mmadụ ịchọ ma ọ bụ inweta. Ihe *anya ahu* na-ahụ pụrụ ịbụ mmadụ ma ọ bụ ihe, ma ọchịchọ nke inwe ya bụ ihe a na-akpọ anyaukwu n'ebe ọzọ.

***Mpako nke ndụ*** pụtara "ịgosipụta ihe nke ụwa n'ụzọ mpako." Okwu Grik a sụgharịrị ịbụ "nganga" bụ *alazoneia* (mpako, oké ọchịchọ, ma ọ bụ ịnya isi banyere onwe onye, ihe onwunwe, ma ọ bụ ihe ndị a rụzuru).

O yiri ka ndị a na-agbanwe eziokwu hà nọgidere na-ekwu na mmadụ pụrụ ikere òkè n'ihe omume **ụwa** n'enweghị ihe mgbochi. Ọ pụrụ ịbụ na ha rụrụ ụka na ebe ọ bụ na Chineke bụ Onye kere ya, na mmadụ na-eji ihe Onye Okike kere eme ihe. Ma ọ bụ ezie na ụwa bụ "nke Chineke kere, *Uwa* dị ka usoro e si hazie ihe **adịghị otú ahụ**. *Ihe niile dị n'ụwa* nwere ntụpọ nke ajọ omume (lee. 1:5).

**2:17**. Ụwa agaghị adịru mgbe ebighị ebi: **Uwa nāgabiga kwa**. Mgbe *uwa* na-akwụsị iguzogide Chineke n'omume na n''ụzọ ime mmụọ, ihe ụtọ nile nke mmehie ga-apụkwa n'anya. **Agu ihe ọjọ ya**, ya bụ, afọ ojuju mmehie nke ụwa, na-adịru nwa oge dị ka usoro ihe ọ na-egosipụta.

N'ụzọ dị iche, **ma onye nēme ihe Chineke nāchọ nānọgide rue mḅe ebighi-ebi**. Àgwà na omume onye a ga-adịgide ruo mgbe ebighị ebi". Ebe ọ bụ na e zoro aka na ndụ "na-adịru mgbe ebighị ebi" (amaokwu nke 6) ma bụrụkwa isi ihe a na-ekwu okwu ya n'akwụkwọ ozi ahụ (lee ihe e kwuru n'amaokwu nke 28), o yiri ka ọ̀ bụ *ụdị* ndụ ahụ ka a na-ekwu okwu ya ebe a. *Onye na-eme uche Chineke na*-anọgide na-adị ka Kraịst nke onye dị otú ahụ nwetara. Ịdị ka Kraịst pụrụ ime ka mmadụ nwee nkwuwa okwu n'oche ikpe Kraịst (4:17; tụlee 1 Kọr. 3:11-15; 2 Kọr. 5:10).

2 Iguzogide ndị na-emegide Kraịst (2:18-27)

**2:18**. Ọ bụghị nanị na "ụwa na-agabiga", kamakwa, onyeozi ahụ na ndị na-agụ akwụkwọ ya na-ebi **n'oge awa ikpeazụ**. Ọ bụ ezie na *oge* pụrụ izo aka n'otu akụkụ nke otu ụbọchị (dịka, Jọn 1:39; 4:6; 11:9), a na-ejikwa ya eme ihe n'izo aka n'ogologo oge a na-amaghị kpọmkwem (dịka, Jọn 2:4; 4:21, 23; 5:25, 28; 16:25; wdg). N'ebe a, *oge awa ikpeazụ* bụ mgbe ihe a kpọrọ mmadụ ga-eru n'ọgwụgwụ ya na ịrị elu (na nkwatu) nke oké aghụghọ ikpeazụ nke Setan.

Ọtụtụ ndị ntụgharị okwu na-ewere okwu ahụ bụ **onye nke nēmegide Kraist** dị ka ihe na-ezo aka na "nwoke nke mmehie" onye ga-ekwu na ọ bụ chi n'ụlọ nsọ ndị Juu (2 Ndị Tesalonaịka 2:3-4) na onye ga-achị ụwa (Mkpu 13:5-8). Ma **ọtụtụ ndị na-emegide Kraịst** e kwuru okwu ha n'amaokwu a bụ otu ndị ahụ e kwuru okwu ha dika 'ọtutu ndi-amuma ugha' nke 1 Jọn 4:1. Ndị ozizi ụgha na-akwadebe ụzọ maka onye nduhie kasịnụ, onye ahụ *na-emegide Kraịst.*

**2:19.** 'Ọtụtụ ndị na-emegide Kraịst' bụbu akụkụ nke otu òtù ahụ ndịozi n'onwe ha so na ya. Okwu ahụ bú **anyị**, nke e ji mee ihe ugboro anọ n'amaokwu a, dị nnọọ iche n'okwu ahụ bú "unu" nke e ji mee ihe n'amaokwu na-esonụ, bụ́ nke e ji mee ihe n'ụzọ siri ike n'asụsụ Grik. N'ebe a, a na-ahụ nke mbụ "anyị"–"gị"–"anyị" (tulee 4:4-6).

Ndị ahụ na-emegide Kraịst ahapụbeghị chọọchị ma ọ bụ chọọchị ndị Jọn degaara akwụkwọ, n'ihi na ọ bụrụ na ha ahapụla ha, ha agaraghịzi abụ nsogbu. N'ụzọ megidere nke ahụ, onyeozi ahụ nwere nchegbu banyere otú ndị na-agụ akwụkwọ ya si ele ndị ikom a anya. Ha hapụrụ chọọchị ahụ, bụ́ nke gosiri na ha esoghị na ya site ná mmalite".

**2:20**. Okwu ahụ bụ́ **otite-mmanụ** na-ezo aka na Mmụọ Nsọ, ma eleghị anya ọ bụghị Okwu ahụ ma ọ bụ Oziọma ahụ. N'Agba Ọhụrụ, a kpọtụghị Okwu Chineke aha kpọmkwem mgbe e kwuru banyere otite-mmanụ, ma a kpọrọ Mmụọ Nsọ.

Ndị e degaara akwụkwọ ozi a bụ Ndị Kraịst tozuru okè n'ụzọ ime mmụọ (lee amaokwu nke 13-14), ikekwe ndị ndú ime mmụọ (ma ọ bụ ndị okenye) nọ n'ọgbakọ ndị Jọn na-ezigara akwụkwọ ozi ya. Ọ bụrụ otú ahụ, mgbe a gụrụ akwụkwọ ozi ahụ ná nzukọ ihu ọha, ọ ga-eme ka ikike ime mmụọ nke ndị ndú ahụ sikwuo ike. N'ịghọta nke a, ebe ọ bụ na ndị ndú **maara ihe nile**, ọ dịghị ihe ọ bụla ndị Kraịst nọ na chọọchị ndị a kwesịrị ịmụta n'aka ndị na-agbanwe eziokwu. Ndị ndú n'onwe ha ruru eru ịkụziri ìgwè mmadụ ahụ dum eziokwu ndị Kraịst.

**2:21**. O ***deghị*** akwụkwọ ozi ahụ n'ihi na ha amaghị eziokwu ahụ. Kama nke ahụ, ọ na-ede kpọmkwem n'ihi na ha **matara ya** [eziokwu ahụ]. O doro anya na Jọn adịghị ede akwụkwọ iji *nwalee* ma ndị na-agụ ya hà bụ ndị a zọpụtara n'ezie ma ọ bụ na ha abụghị. N'iburu n'uche amaokwu nke 4 echiche dị otú ahụ na-egosipụta ikpu ìsì nye nkwupụta nke akwụkwọ ozi ahụ n'onwe ya.

Na mgbakwunye na ịmara eziokwu ahụ, ndị na-agụ akwụkwọ ozi Jọn makwaara na ọ dịghị ụgha ọ bụla sitere n'eziokwu ahụ. Jọn agaraghị enwe ndidi na Ndị Kraịst ndị na-eto echiche ụgha dị ka "ihe nwere nghọta" ma ọ bụ "kwesịrị ekwesị maka mkparịta ụka," n'agbanyeghị ókè o si n'eziokwu dị.

**2:22**. Ụgha Jọn bu n'obi bụ na ndị mmadụ agọnahụla na **Jizọs bụ Kraịst**. N'ezie, nye Jọn, ikwere **na Jizọs bụ Kraịst** ahụ bụ okwukwe na-azọpụta ((lee nkọwa na 5:1; tulee. Jọn 20:30-31)  **Onye na-agọnahụ** eziokwu a **bụ onye ụgha** nke na-emebi ntọala nke a na-azọpụta mmadụ na ya.

Ikwere na *Jizọs bụ Kraịst* ahụ pụtara ikwere na Ọ bụ Onye ahụ nke na-ekwe nkwa ndụ ebighị ebi nye onye ọ bụla kwere ekwe.

Ụgha nke Jọn bu n'uche gụnyere ịgọnahụ na ndị na-agụ akwụkwọ Jọn nwere ndụ ebighi ebi (lee amaokwu 25). Ọ bụrụ na **Jizọs** abụghị **Kraịst ahụ**, mgbe ahụ mmesi obi ike nke ndị na-agụ akwụkwọ ahụ na ha nwere ndụ a site n'okwukwe n'ime Ya bụ onyonyo ụgha. Ọ bụrụ na obi ike ha adaa, mmekọrịta ha na Chineke ga-adakwa. Ịgọnahụ na okwukwe na Kraịst bụ nanị ụzọ isi nweta ndụ ebighị ebi bụ ịgọnahụ **Nna** ahụ.

**2:23**. Jizọs gosipụtara Nna ya n'ụzọ zuru oke nke na okwu ya na omume ya bụ nke Nna ya (lee. Jọn 14:10-11) Ịgọnahụ **Ọkpara ahụ** bụ ịgọnahụ **Nna ahụ** (lee amaokwu 22).

N'iburu n'uche 2 Jọn 9 (lee ihe ndị e kwuru n'ebe ahụ), nkwupụta ahụ bụ́ na onye na-agọnahụ **Ọkpara ahụ enweghịkwa Nna ahụ**, pụtara na ma **Ọkpara ahụ** ma **Nna ahụ** enweghị ihe jikọrọ ha na ihe ndị ozizi ụgha ahụ na-eme.

**2:24**. Ndị na-agụ ya pụrụ imeri ndị ọrụ ajọ onye ahụ, ndị na-emegide Kraịst, site n'ịnọgide n'Okwu Chineke, bụ́ nke ha nụrụ **site na mbu**. N'ihi ya, ha **gānọgide kwa nime Ọkpara ahu, nọgide kwa nime Nna-Ya**. Dika edeputara na mbu (lee amaokwu 5-6, 14), "ndụ nke ịnọgide" bụ ndụ nke onye na-eso ụzọ nke na-edebe ihe Onyenwe anyị nyere n'iwu na nke a na-akọwa site n'ịhụnanya maka ụmụnna.

**2:25**. Ndị na-emegide Kraịst na-agọnarị na "Jizọs bụ Kraịst" (amaokwu nke 22). Ma ọ bụ nanị site *n'ikwere* na Jizọs bụ Kraịst ka mmadụ pụrụ inweta ndụ ebighị ebi. (5:1; Jọn 20:30-31) Chineke na-ekwe onye ọ bụla nke kweere na

Jizọs bụ Kraịst nkwa **ndụ ebighị ebi**. Nnọchiaha bụ́ **Ọ** pụrụ izo aka n'ebe Chineke nọ ma ọ bụ n'ebe Kraịst n'onwe ya nọ.

**2:26**. Ndị Ndozigharị a wetara ozizi nke nzọpụta dị iche na nke ndị na-agụ ya **nụrụ site na mbu** (amaokwu 24). Ha gọnarịrị na Jizọs bụ Kraịst (amaokwu 22), o doro anya na ha gọnarịkwara na ndụ ebighi ebi dị naanị site n'aka Ya (n'ihi ihe anyị na-ahụ n'amaokwu nke 25).Ọ pụrụ ịbụ na ha kwuru na ha na "Nna ahụ" nwere mmekọrịta pụrụ iche, ma Jọn kwuru na nke ahụ abụghị eziokwu. (amaokwu 22-23).

**2:27**. Amaokwu a bụ isi okwu nke nzube akwụkwọ ozi a. Ndị na-agụ ya maara eziokwu ahụ nke ọma ma chọọ naanị ijidesi ihe ha aka ike ka ha wee nụ ụtọ uru nile nke ndụ ahu na-anọgide n'ime Kraịst.

**Otite-manu ahu nke** [ha] **natara n'aka-Ya** na-egosi na ndị na-agụ akwụkwọ bụ "ndị e tere mmanụ" site n'aka Mmụọ Nsọ ahụ nke si n'aka Jizọs, "Onye E Tere Mmanụ" bịa (tụlee amaokwu 20). Otite mmanụ nke ndị na-agụ akwụkwọ na-akụziri ha ịjụ ụgha ndị Ndozigharị banyere "Onye a E Tere Mmanụ."

N'ihi ịbụ ndị e tere mmanụ, **ọ dịghị ha mkpa ka onye ọ bụla na-akụziri** ha **ihe**, ihe àmà nke ntozu okè ha (tụlee Hibru 5:12). Ịtọzu Okè a e gosipụtala ya n'ebe ọzọ n'akụkụ a. 1 Jọn 2:13b-14, 20

Nkwupụta abụọ ahụ yiri ibe ha bụ́ '**dị ka** [Ọ] nēzí **unu ihe bayere ihe nile,** na **dika O zíkwara unu'** na-egosi na ozizi Mmụọ Nsọ nke na-aga n'ihu na-ekwekọ mgbe nile n'ihe Mmụọ Nsọ kụziworo unu. Nke ahụ bụ, ihe ọ bụla Mmụọ Nsọ kụziri na mbụ, agaghị abụ ihe a gbanwere ma ọ bụ gọnarị site n'ihe ọ bụla Ọ na-aga n'ihu na-akụzi. Ihe ọ bụla ndị na-emegide Kraịst na-akụzi nwere ike ịbụ nke na-esiteghị na Mmụọ Nsọ ma ọ bụrụ na ọ na-emegide ihe Mmụọ Nsọ kụziri.

IV. Ahụ́; Ndụ nke Na-eduga n'Inwe Obi Ike n'Ihu Oche Ikpe Kraịst (2:28-4:19)

*A. Amaokwu Isiokwu: Nọgide ka ị nwee obi ike (2:28)*

**2:28**. Amaokwu a bụ nkwupụta isiokwu maka ihe na-eso na 2:29–4:19. Ka ndị na-agụ akwụkwọ na-ekwe ka eziokwu ahụ 'na-ebi' n'ime ha, ha ga-enwe ike 'ibi' n'ime Ọkpara ahụ na n'ime Nna ahụ (amaokwu 24-27).

Jọn na-ekwu banyere ọbịbịa Jizọs Kraịst na mkpa ọ dị ịdị njikere iji obi ike guzoro n'ihu Ya, n'emeghị ihere. Ọ bụ ezie na a zọpụtawo ndị na-agụ ya

n'ụzọ doro anya (lee nkọwa n'amaokwu 12-14), ọ ka ga-ekwe omume ka ihere mee ha n'ihu Kraịst, ọkachasị n'oche ikpe ya. Ọ bụ ezie na Chineke na-enye nzọpụta n'efu, na-agaghị efunahụ mmadụ, onye kwere ekwe ọ bụla ga-aza ajụjụ maka ndụ ya dị ka Onye Kraịst n'ihu Kraịst (tụlee Ndị Rom 14:10-12; 1 Ndị Kọrịnt 3:11-15) Ma ‘’nke ọma ma nke ọjọọ.’’ 2 Ndị Kọrịnt 5:10.

Kama ihere, onye ode akwụkwọ ahụ na-atụ aro na ndị na-agụ ya nwere ike inwe

**nkwuwa-okwu, ghara kwa iwere ihere pua n'iru Ya n'ọbibia-Ya**. Isi ihe niile dị n'akwụkwọ ozi ahụ na-akọwa otú e si enweta *obi ike* a.

B. Site n'ịmụta ịhụ ụmụ Chineke (2:29 - 3:10a)

**2:29**. Ikekwe ndị Ndozigharị a kwusiri ike na ọdịdị Chineke gụnyere ma ìhè ma ọchịchịrị (tụlee 1:5).N'ihi nghọta a, Chineke site n'ọdịdị Ya nwere ahụmahụ nke ma ihe ọma ma ihe ọjọọ. Ihe a pụrụ isi na nke a nweta bụ na ụmụ Ya nwekwara ike ime otu ihe ahụ. N'ụzọ dị iche, ebe ọ bụ na **Chineke bụ onye ezi omume, onye ọ bụla nke na-eme ezi omume bụ onye a mụrụ site na Ya**. Nke a bụ ebe mbụ e kwuru banyere ịmụ mmadụ ọzọ n'akwụkwọ ozi a. A pụrụ ịmata onye a mụrụ ọzọ ma ọ bụrụ na o gosipụtara *ezi omume* Ndị Kraịst. "Iwu" nile nke Kraist (tụlee ọtụtụ n’ime 3:22) enwere ike ichikota ha n'okpuru otu iwu: "Nke a bu ihe O nyere n'iwu: ka ayi kwere n'aha Okpara Ya Jizos Kraist ma hu ibe ayi n'anya, dika O nyere ayi iwu" (3:23). Anyị apụghị inwe *ezi omume* n’ezie ma anyị enweghi okwukwe n’ime Kraịst na ịhụnanya n’etiti Ndị Kraịst ibe anyị.

Jọn adịghị ekwu banyere otú mmadụ pụrụ isi kpebie ma à mụwo ya ọzọ. N'ụzọ doro anya, Jọn na-eche banyere ihe mmadụ pụrụ ikwubi ma ọ bụrụ na ọ maara na Chineke bụ onye ezi omume. Ọ bụrụ na a mara nke ahụ, ọ na-eso na onye na-egosipụta ọdịdị *ezi omume* Ya *na-egosipụta* ọdịdị ahụ n'ezie ma nwee ike *ịghọta ya n'ụzọ ziri ezi dị ka onye Ọ mụrụ.*

**3:1**. Okwu banyere ịmụ mmadụ ọzọ (2:29) kpaliri Jọn ikwupụta ihe ijuanya. Okwu Grik a sụgharịrị ịbụ **olee ụdị** (potapos) na-egosipụta mgbe ụfọdụ ime ka okwu sie ike ( “ọ̀ dị ukwuu” ma ọ bụ “ọ̀ dị ịtụnanya"). Lee ka **ịhụnanya Nna** nke na-eme ndị kwere ekwe **ụmụ** Ya si dị ukwuu n'ezie!

*Ịhụnanya* Chineke nke pụtara ìhè n'ime chọọchị bụ isiokwu dị mkpa na 2:29 - 4:19.O doro anya na a ga-enwerịrị ihe *a na ahụ anya*. Dị ka amaokwu nke 29 gosiri, ime ezi omume Ndị Kraịst na-eme ka nwa Chineke pụta ìhè. Ka a

na-ahụ nwa Chineke ka ọ na-eme ezi omume Ndị Kraịst, ọ na-emekwa ka *ịhụnanya* Chineke nwere n'ebe ọ nọ pụta ìhè.

Echiche a banyere nwa Chineke adịghịrị **ụwa**, nke na-amaghị ndị kwere ekwe dị ka ọ na-amaghị **Ya**, Onyenwe anyị Jizọs. N'ihi ya, "ile anya" ahụ Pọl onyeozi gbara ume ka a na-ahụ n'ebe a bụ ahụmahụ pụrụ iche Ndị Kraịst na-enwe.

**3:2**. Okwu ahụ bụ́ **Ndị M Hụrụ n'anya** na-ebuli echiche ahụ dị n'amaokwu bu ụzọ bụ́ na Ndị Kraịst bụ ndị Nna ahụ hụrụ n'anya, bụ́ onye na-ewere ha dị ka **ụmụ** Ya. Nke a bụ eziokwu **ugbu a** (nke e mesiri ike). Ma n'agbanyeghị na nke a bụ́ eziokwu *ugbu a*, **e kpughebeghị ihe** ndị kwere **ekwe ga-adị ka** ya mgbe e nwoghara ha n'ọdịdị nke Onye Nzọpụta.

Okwu ahụ a sụgharịrị ugboro abụọ ịbụ **kpughere** bụ otu okwu ahụ a sụgharịrị ịbụ "pụtara"  na 2:28 (*phanerōthē*). Mgbe Kraist ga-apụta, ihe ndị kwere ekwe ga-abụ ga-apụtakwa. Ebe ọ bụ **na anyị ga-adị ka Ya** mgbe ahụ, ndị kwere ekwe achọghị 'ime ihere n'ihu Ya' ugbu a (tulee. 4:17-19).

Ihe mere *ha ga-eji dị ka ya* mgbe ọ ga-abịa bụ na ha **ga-ahụ ya** otú ọ dị. Ịhụ Jizọs n'ebube Ya ga-eweta mgbanwe nye onye ọ bụla bụ nwa Chineke. Nke a kwekọrọ n'ozizi Pọl na ọbụnadị ugbu a mgbanwe ime mmụọ ha na-ewere ọnọdụ ka ha na-ahụ ebube Ya n'ime Akwụkwọ Nsọ (2 Ndị Kọrịnt 3:18). Ndị Kraịst nwere olileanya magburu onwe ya maka ọdịnihu - Ịhụ mgbanwe dị ebube nke Onye Nzọpụta ha - nke a kwesịkwara ịkpali ha ịdị ka Kraịst ugbu a. O kwesiri ime ka ha 'nọgide n'ime Ya' (2:28).

**3:3**. Eziokwu ahụ magburu onwe ya bụ́ na otu ụbọchị ha ga-adị nnọọ ka Onyenwe ha Jizọs ma n'ụzọ anụ ahụ ma n'ụzọ ime mmụọ bụ **olileanya** na-eme ka ndị kwere ekwe **dị ọcha**.

Onye amụrụ ọzọ anaghị emehie *ma ọlị* n'ihi na o nwere n'ime ya mkpụrụ Chineke na-enweghị mmehie, *ọ pụghịkwa* imehie (lee amaokwu 9). N'ime obi ya, onye ahụ kwere ekwe dị nnọọ ọcha dị ka Onye Nzọpụta ya. A ga-emezu ịdị ọcha ahụ kpamkpam n'ọbịbịa nke Onyenwe anyị (amaokwu nke 2), mana ọ bụ nke ha ugbu a n'ime obi ha.

N'ihi ya, okwu ahụ bụ́ **onye ọ bula nke nwere olile-anya nka n'ebe Ọ nọ** kwekọrọ n'okwu Jọn bụ́ "onye ọ bụla nke kwere na Ya [n'aha Ya, wdg]." Mgbe mmadụ nwere okwukwe na Kraịst, Chineke na-agụ ya dị ka onye ezi omume. N'ebe a , mmadụ na-eme onwe ya ka ọ dị ọcha, ọ bụghị n'ihi ikike ọ bụla dị n'ime ya n'okwukwe ya, kama n'ihi na igosipụta okwukwe a bụ ihe ndabere nke Chineke ji eme ka ọ dị ọcha n'ime.

**3:4. Mmehie** bụ ihe megidere ịdị ọcha nke Kraịst na onye ọ bụla nwere olileanya ịdị ka Ya. **Imebi Iwu** (anomia) A pụrụ ịsụgharị n'ụzọ ka mma ịbụ "ajọ omume" ma ọ bụ “mmehie". Ime mmehie n'ụzọ ọ bụla adịghị egosipụta ịdị ọcha nke Jọn kwuru banyere ya n'amaokwu nke 3.

**3:5**. Maka ndị sachara onwe ha n'ime mmụọ site na ọmụmụ ọhụrụ.(tụlee amaokwu nke 3), mmehie abụghị naanị ihe na-ekwesịghị ekwesị n'ihi na ọ dị njọ (amaokwu nke 4), kama ọ na-emegidekwa onye na ọrụ Kraịst. Ọ bụ ezie na Onye Kraịst ọ bụla na-emehie (1:8), mmehie enweghị ọnọdụ na ndụ Onye Kraịst (tụlee Ndị Rom 6:1-4). E kwesịghị ịnabata ya, ma ya fọdụzie ịkwado ya n'ụzọ ọ bụla (lee 1 Jọn 2:1).

Ebumnuche nke ọbịbịa mbụ nke Jizọs bụ **iwepụ mmehie anyị**. N'ihi ọnwụ ịchụ àjà Ya, a ga-emecha wepụ mmehie nke ụwa n'ahụmahụ ụmụ mmadụ. Ọ dịghị onye nọ n'alaeze ebighị ebi nke Chineke (mgbe nnupụisi ikpeazụ nke narị afọ iri ahụ gasịrị; Mkpu 20:7-10) ga-emehie ọzọ. Ihe e kwuru n'amaokwu nke 2 ekwuola banyere nke a.

N'ihi ya, ịjụ mmehie, kwesịrị ịdabere ọ bụghị naanị n'ụdị ajọ omume ya, kamakwa na nghọta na ebumnuche nke Onye Nzọpụta, bụ iwepụ ya kpamkpam na ndụ ndị kwere ekwe. Ịdị ọcha nke onwe ya, (amaokwu nke 3), na-enye ihe mkpali ịjụ mmehie n'ụdị ya nile. N'ihi na Ya onwe ya bụ onye na-enweghị mmehie: mmehie adịghị n'ime Ya. Ọrụ ịchụ aja Kraịst, tinyere ịdị nsọ nke onwe Ya na nke zuru oke, na-eme ka mmehie bụrụ ihe na-ekwesịghị ekwesị maka onye kwere ekwe.

**3:6**. Ebe obu na nmehie adighi nime Kraist, onye kwere ekwe nke **na-anọgide na Ya adighi emehie** (tụlee. 2:28). E mewo mgbalị dị ukwuu, ma n'ebe a ma n'amaokwu nke 9, iji mee ka okwu a dị nro. Otu ụzọ a ma ama bụ ịghọta oge ndi ugbua (adịghị eme mmehie) dị ka "adịghị *anọgide na*-eme mmehie." Echiche ọzọ a ma ama bụ na Jọn na-ekwu banyere ihe a na-atụ anya ya bụ́ nke a na-emezughị n'ụzọ zuru ezu n'oge a.

Ihe megidere echiche abụọ a bụ nkwupụta nke amaokwu 5 na "n'ime Ya ọ dịghị mmehie ọ bụla". Ebe ọ bụ otú ahụ ka ọ dị, onye *nọgidere n'ime* Onye na-enweghị mmehie apụghị ịsị na ọ bụ “Onye na-eme obere mmehie”! Ọ bụrụ na enweghi ike inwe mmehie ọbụla n'ime Kraịst, mmadụ enweghị ike iwere ọbụnadị ntakịrị mmehie n'ime ahụmịhe nke a na-ekwu kpọmkwem na ọ dị *n'ime* Ya. Enweghị ike ịmata njikọ ezi uche dị na ya n'etiti amaokwu 5 na 6 bụ ihe kpatara nghọtahie nke amaokwu 6. N'ihi ya, nghọtahie a na-aga n'ihu n'amaokwu nke 9.

Jọn nke Mbụ 1:8 na-eme ka o doo anya na enweghị onye nke Kraịst ga si na n'ime ahụ́màhụ́ ya na onweghị mmehie ọ bụla na ndụ ya.". Mana n'otu oge ahụ ahụmịhe nke "inọgide n'ime Ya" bụ ahụmịhe na-enweghị mmehie. Mgbe mmadụ na-erubere Chineke isi n'otu akụkụ nke ndụ, a dịghị emebi nrubeisi ahụ n'ihi mmehie ndị o mere n'akụkụ ndị ọzọ. Ọ bụrụ na mmadụ na-erube isi n'iwu ahụ nke ịhụ nwanne ya n'anya, nrubeisi ahụ adịghị emerụ n'anya Chineke site n'ụdị ọdịda dị iche na ndụ, dị ka amụghị anya n'ekpere (tụlee Ndị Efesọs 6:18).

Mgbe onye kwere ekwe na-eje ije na mkpakọrịta ya na Chineke, Ọ na-enwe ike ileghara ọdịda na mmehie ya niile anya ma hụ nrubeisi n'ezie dị n'ebe ahụ. Na Jọn 1:7 Jọn kọwara na ọbụna mgbe anyị na-eje ije n'ìhè ahụ, a na-eme ka anyị dị ọcha site n'ọbara Kraịst. Ka onye kwere ekwe na-eje ije n'ìhè ahụ ma na-eme ihe Chineke nyere n'iwu, Chineke na-ele ya anya dị ka onye e mere ka ọ dị ọcha n'ụzọ zuru ezu na onye a na-apụghị ibo ebubo ọ bụla nke ajọ omume.

N'ihi ya, Mgbe onye kwere ekwe *nọgidere na Kraịst*, Chineke na-ahụ ma na-anabata nrubeisi nke na-esite ná mmekọrịta ahụ. Mmehie ọ bụla nke ka dị adị esiteghị na ndụ nke ịnọ n'ime Kraịst. Dị ka 1 Jọn 1:7 si kwuo, a na-asachapụ mmehie ahụ. N'ihi ya, ịnọgidesi ike n'ime Kraịst bụ otu ihe ahụ dị ka ibi ndụ n'irube isi.

Ebe ọ bụ na mmehie abụghị akụkụ nke ahụmịhe na-adịgide adịgide, nke a pụtara na **onye ọ bula nke nēmehie ahughi Ya anya mḅe ọ bula, ọ maghi kwa Ya.**

Ọ bụ ihe na-ezighi ezi iji tensi ndiugbua nke ngwaa *mmehie*, dị ka a ga-asị na ọ pụtara "na-aga n'ihu ime mmehie," (lee amaokwu 9). Echiche a na-arụtụ aka n'ọdịiche dị n'etiti mmehie na Kraịst, n'etiti mmehie na ịnọgidesi ike. Mgbalị ọ bụla a na-eme iji tinye "obere mmehie" ma ọ bụ "mmehie a na-eme mgbe ụfọdụ" n'ihe Jọn kwuru na-emebi nnọọ ihe dị iche onyeozi ahụ na-ekwu. Ebe ọ bụ na ọbụna ndị kwere ekwe na-emehie (1:8), Nkwupụta a bụ iji gosi na mmehie ọ bụla na-esite ọ bụghị naanị n'ịghara irubere Chineke isi, kamakwa n'amaghị ma ọ bụ ịghọta Ya.

Mmehie ọ bụla dị aghụghọ n'ụzọ ụfọdụ (Ndị Hibru 3:13), ma na-esi n'ime obi nke na-agba ọchịchịrị n'ebe Chineke nọ pụta. Ịghara ịghọta na nkwupụta Jọn bụ eziokwu banyere mmehie niile bụ Ịghọtahie isi okwu ya kpamkpam. Ọ bụrụ na ndị na-agbanwe Ozizi mere ka mmehie yie ihe ezi uche dị na ya, ha hiere ụzọ. Ndị mmadụ na-eme mmehie mgbe ha kpuru ìsì ma bụrụ ndị na-amaghị Chineke n'ezie.

**3:7**. Ịdị mfe nke uche na mmụọ na-abụkarị ihe nchebe kasị mma nye Onye Kraịst megide ozizi nduhie ndị na-azọrọ na ha nwere ihe ọmụma 'miri emi' ịkọrọ ndị ọzọ. O doro anya na n'ihe ndị bu ụzọ (karịsịa n'amaokwu 4 ruo 6) Jọn bu ndị na-agbanwe ozi ọma n'obi. Ndị na-agụ ya ekwesịghị ikwe ka ndị a na-emegide Kraịst **duhie** ha. ụfọdụ ndị kwere ekwe chere na ha pụrụ ime mmehie ma ka na-azọrọ na ha na Chineke na-akpakọrịta.

Ka e wee ghara iduhie ndị na-agụ ya, ha aghaghị iburu n'uche eziokwu a dị mfe bụ́ na **onye nēme ezi omume bu onye ezi omume, dika Ya onwe-ya bu onye ezi omume**. Isi ihe Jọn na-ekwu bụ na *ezi omume* (ọ bụghị mmehie) bụ ihe na-egosi na mmadụ nwere ọnọdụ ezi omume zuru oke dị n'ime mmụọ ya n'ebe Chineke nọ.(lee 2:29).

Naanị *ezi omume* na-esi n'ime mmadụ pụta bụ onye bụ onye *ezi omume* dịka Chineke *bụ onye ezi omume*, n'ihi na "ọ dighi kwa ọchichiri ọ bula di nime Ya" (1:5). Mgbe onye kwere ekwe mere mmehie, ọ bụghị ngosipụta nke ezi omume Chineke.

**3:8**. Ọ bụrụ na ndị kwere ekwe bụ ndi ezi omume, ma mmehie abụghị ngosipụta nke ezi omume ahụ, mgbe ahụ mmehie ndị kwere ekwe niile na-eme (1:8) **bụ nke ekwensu**, ya bụ, sitere na ya. Ndị ghọtara nkwupụta dị otú a ka ọ pụtara na onye na-ekwu na ya bụ Onye Kraịst abụghị n'ezie onye azọpụtara na-ehie ụzọ. Ebe obu na Jon kwenyere na ndi Kristain n'emehie (lee 1:7-10), Ọ bụrụ na azọpụtaghị, **onye ọ bụla na-eme mmehie**, mgbe ahụ *ọ dịghị onye* a zọpụtara!

Jọn na-ekwu **na ekwensu nēmehie site na mbu**, ya bụ, Ọ bụ na ya ka mmehie niile sitere, na ọrụ mmehie ya malitere site *na mmalite.* (Ebe a, *mmalite ahụ* adịghị ezo aka n'oge ebighị ebi gara aga, ebe ọ bụ na e kere Ekwensu eke, ọ bụghịkwa onye na-adịru ebighị ebi. Okwu ahụ na-ezo aka n'ọnọdụ mbụ nke ihe e kere eke dị ka ọ dị mgbe Setan wetara mmehie n'ime ya (Aịsaịa 14:12-15; Eziekel 28:11-15.). Ịbụ *nke ekwensu* pụtara "ịbụ onye na-arụ ọrụ ekwensu" (tụlee Okwu Jizọs gwara Pita na Matiu 16:23).

Ikere òkè n'ime mmehie bụkwa ikere òkè n'ihe ahụ Jizọs bịara ibibi, n'ihi na **Ihe eji me ka Ọkpara Chineke puta ìhè bu nka, ka O we la ọlu nile nke ekwensu n'iyì**. (tụlee amaokwu. 5, Ọ "pụtara ìhè iwepụ mmehie anyị").

**3:9**. Onye ọ bula nke **amuworo site na Chineke** nwere **nkpuru** nke Chineke nime **ya**, o nweghi ike imehie, (**ọ pughi kwa imehie**) n'ihi na amuworo ya site na **Chineke**.

Dị ka o kwesịrị ịdị, ọtụtụ ndị echewo otú nkwupụta a pụrụ isi kwekọọ n'eziokwu ebe ọ bụ na ndị Kraịst na-emehie, dị ka ọbụna Jọn kwetara (1:8). Ma

azịza ya dị nso. Na 1:8 Jọn dọrọ aka na ntị, "Ọ bụrụ na *anyị* asị na anyị enweghị mmehie, anyị na-aghọgbu onwe anyị." Ma na 3:9 ọ na-ekwu, *Onye ọ bula nke amuworo site na Chineke adighi-eme nmehie.* Dị ka mmadụ zuru ezu, ndị kwere ekwe na-eme mmehie ma ha apụghị ikwu na ha nwere onwe ha pụọ na ya, mana ndụ ime mmụọ ha nke a na-eme ka ọ dị ọhụrụ anaghị eme mmehie.

Mgbe Pọl na-akọwa ọgụ ya na mmehie na-alụ, o kwuru ihe abụọ na-akpali ya ime ihe. N'ihi ya, ọ pụrụ ikwu, sị: "N'ihi na mu na iwu Chineke nēnwekọ obi-utọ dika *madu imem si di*: ma anamahu iwu di iche n'ihe nile dim n'aru, nēbu agha megide iwu nke uchem, nādọtakwam n'agha nye iwu nke nmehie nke di n'ihe nile dim n'aru" (Ndị Rom 7:22-23; agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche). Tupu nke a, o kwubiri, "Ma ọ buru na ihe m'nachọghi, ihe ahu ka m'nēme, ọ bughi mu onwem nāluta kwa ya ọzọ, kama ọ bu ihe ahu nke nēbi nimem, bú nmehie" (amaokwu nke 20; agbakwunyerem edemede eji egosipụta ihe pụrụ iche) . Nkwubi okwu ya dị mfe; "Ya mere otú a mu onwem ji uchem buru orù nke iwu Chineke; ma ejim anu-arum buru orù nke iwu nmehie" (amaokwu nke 24). N'ime obi ya, (n'ime mmụọ ya) ọ dịghị eme mmehie, ọ pụghịkwa ime ya. N'ime mmụọ ya (onye ahụ e mere ka ọ dị ọhụrụ) enweghị ike imehie emehie ma ọlị, ọ na-eme ihe Chineke chọrọ n'ụzọ zuru ezu. Mgbe mmadụ mehiere, ọ bụghị mmụọ ya amụgharịrị na-eme ya.

Mmehie dị n'ime Onye Kraịst, ma ọ bụ onye mba ọzọ na ihe na-abụghị akụkụ nke ime mmụọ ya a mụgharịrị ọzọ, ebe Kraịst bi n'ịdị nsọ zuru okè. Ebe Kraist b nd ebighebi (1 Jon 5:20), onye nwere nd ah *apghi imehie n'ihi na a mụrụ ya site na Chineke*. *Mkpụrụ* nke Chineke (sperma) nke ndụ ahụ *na-anọgide* (menō, "na-adịgide" ) n'ime *onye ahụ* a mụrụ ọzọ, na-eme ka mmehie bụrụ ihe na-agaghị ekwe omume n'ogo nke ime mmụọ ya amụgharịrị ọzọ.

Ihe anyị ghọtara na 3:9 na-esochi nnọọ ihe e kwuru na 2:29 ruo 3:8. Ihe ndị na-emegiderịta onwe ha bụ ihe a na-ahụkarị n'okwu Jọn. Ihe ndị kasị pụta ìhè n'ime ha bụ ọdịiche dị n'etiti ìhè na ọchịchịrị na ọnwụ na ndụ. Ma a ghaghị ịgbakwunye nke a na ọdịiche dị n'etiti mmehie na ezi omume bụ́ nke pụtara ìhè n'ụzọ doro anya n'akụkụ a.

Ruo ọtụtụ iri afọ, ọtụtụ ndị chere na ihe ga-eme ka a ghọta ihe e dere na 3:9 bụ na ndiugbua nke ngwaa ahụ bụ́ *mmehie*. N'echiche a, amaokwu ahụ kwesịrị ịgụ, "Onye ọ bụla a mụrụ site na Chineke adịghị *anọgide na-eme mmehie*; n'ihi na mkpụrụ Ya na-anọgide n'ime ya; ọ pụghịkwa *ịnọgide na-eme mmehie*, n'ihi na a mụrụ ya site na Chineke." (NIV nwere nsụgharị yiri nke ahụ.) N'echiche a, ịnọgide na-eme mmehie ruo ogologo oge adịghị eme ma ọ bụrụ na a mụọ mmadụ ọzọ.

Ma nke a na-ewelite ọtụtụ ajụjụ karịa ka ọ na-aza. Ọ̀ bụ na Ndị Kraịst nile adịghị *anọgide* na-eme mmehie ruo ụbọchị ha nwụrụ? Ọzọkwa, ọ̀ bụ na Ndị Kraịst nile adịghị eme mmehie *kwa ụbọchị*? Olee otú mmadụ pụrụ isi kwuo na ya *adịghị* anọgide na-eme mmehie? Ọ̀ dị mgbe onye ahụ a mụrụ ọzọ na-akwụsị ime mmehie? Nsụgharị a a tụrụ aro ya adịghị edozi ihe ọ bụla.

Onye a mụrụ ọzọ nwere ike igosipụta onwe ya naanị site na ezi omume (tụlee 2:29) na enweghị ike igosipụta onwe ya site na mmehie, *n'ihi na ọ nweghị ike ime mmehie.*

**3:10a**. NKJV na-ewere nkwupụta a dị ka ntụaka maka ihe na-eso ya (rịba ama ntụpọ na ntụgharị ya). Ma ọ ka mma iwere ọkara ikpeazụ nke amaokwu ahụ dị ka mmalite nke nkeji ọhụrụ.

Okwu ndị **dị n'ebe a** na-ezo aka n'azụ kama ịga n'ihu n'ọnọdụ a. Okwu ahụ bụ́ **ga-apụta ìhè** nke dị n'amaokwu nke 10a na-egosi ihe ga-esi n'ihe e kwuworo pụta. Site na 2:29 ruo 3:9. **Ụmụ Chineke**... *na-apụta ìhè* site n'ime ezi omume ha. E kwesịghị ile nke a anya dị ka ule nke nzọpụta. Nye John, nanị ụzọ isi mara ma a zọpụtara mmadụ n'ezie bụ site n'okwukwe ha nwere na Jizọs (tụlee 5:1 na 5:9-13). Kama nke ahụ, nke a bụ nanị nkwupụta banyere *otú* ụmụ Chineke si eme ka a mara ha.

Ndị na-ele 1 Jọn anya dị ka akwụkwọ nduzi maka ikpebi onye a ga-azọpụta na onye a na-agaghị azọpụta na-eji akwụkwọ ahụ eme ihe n'ụzọ na-ezighị ezi. Jọn na-aga n'ihu n'isi okwu ahụ ekwuru na 2:28 na a na-enye ndị na-anọgide n'ime Ya obi ike n'ihu Onyenwe anyị. Site n'ịnọgide n'ime Ya, ndị kwere ekwe pụrụ igosipụta na ha bụ ụmụ Chineke, ha na-emekwa otú ahụ. Ma ndị na-adịghị anọgidesi ike adịghị egosipụta onwe ha n'ụzọ dị otú ahụ. Ọ bụ ezie na Chineke agbanweela ha n'ime, ndị mmadụ apụghị ịhụ mgbanwe ahụ nke ọma.

Otu ụkpụrụ ahụ metụtakwara **ụmụ Ekwensu**. Enweghị ezi ihe mere a ga-eji were nkebi ahịrịokwu a dị ka ihe na-ezo aka n'ebe ndị a na-azọpụtaghị n'ozuzu ha nọ (lee amaokwu 8). Okwu ahụ bụ́ *ụmụ ekwensu* bụ nke na-akọwa ihe. N'iburu 2 Jọn 9 n'uche (lee ihe odide dị n'ebe ahụ), a pụrụ isi otú ahụ kọwaa Onye Kraịst nke dapụworo n'ezi ozizi banyere onye na ọrụ Kraịst ma jiri obi ike na-emegide eziokwu ahụ. Nke a abụghị ihe ijuanya karịa eziokwu ahụ bụ na Jizọs kpọrọ onye na-eso ụzọ ya Pita "Setan" (Matiu 16:23). "Nwa nke ekwensu" bụ onye ọbụla na-arụ ọrụ ekwensu site n'iguzogide eziokwu.

C. *Site n'ịmụta ịhụ ịhụnanya Ndị Kraịst (3:10b–23).*

1. Ihe Ịhụnanya Na-abụghị (3:10b-15)

**3:10b.** N'ebe a, Jọn na-ekwusi ike na ihe bụ eziokwu banyere **onye ọ bula nke nādighi-eme ezi omume** bụkwa eziokwu banyere **onye nke nādighi-ahu nwa-nna-ya n'anya**. N'ọnọdụ abụọ ahụ, onye ahụ **esighị n'ebe Chineke nọ**, n'echiche bụ́ na Chineke adịghị akwado ihe ọ na-eme.

Dị nnọọ ka okwu ahụ bụ *nke ekwensu* n'amaokwu nke 8, obu ihe ojoo iwere okwu ahụ bụ **esighị na Chineke** (*ek tou theou*) dị ka a ga-asị na ọ pụtara "a mụghị n'aka Chineke." Nsụgharị NIV, "Onye ọ bụla nke na-adịghị eme ihe ziri ezi abụghị nwa Chineke", na-agbanwe ihe odide ahụ ma na-akọwa ya n'ụzọ na-ezighị ezi n'otu oge ahụ. Ọ dịghị ihe dị n'akụkụ Akwụkwọ Nsọ a nke na-ekwu na onye ahụ abụghị nwa Chineke. Kedu ka o si nwee ike ịdị? Mmadụ *aghaghị ịbụ* nwa Chineke tupu ya enwee ike ịkpọ *nwanne ya nwoke* asị. Onye a na - azọpụtaghị enweghị nwanna *nwoke* bụ́ Onye Kraịst ọ ga - akpọ asị (tụlee 2:9).

Jọn na-esikwa n'isiokwu sara mbara gaa n'isiokwu dị mkpirikpi. Okwu ndị ahụ bụ *onye ọ bụla na-anaghị eme* [N'asụsụ sara mbara, "na-eme"] *ezi omume* nwere ike ịpụta onye ọ bụla na-enweghị ezi omume, ma a zọpụtara ya ma ọ bụ na a zọpụtaghị ya. Ma okwu ahụ bụ́ *onye na-ahụghị nwanna ya n'anya* na-ewebata ụdị ezi omume a kapịrị ọnụ nke ọ bụ nanị onye Kraịst pụrụ igosipụta ma ọ bụ ghara igosipụta.

**3:11**. Ịghara ịhụ nwanne gị n'anya abụghị ihe ọzọ ma ọ bụghị imebi iwu Onye Nzọpụta nyere ka unu **hurita ibe-unu n'anya** (Jọn 13:34). Jizọs kwupụtara iwu mbụ ahụ *nanị mgbe* Judas hapụsịrị Ụlọ Elu ahụ (Jọn 13:30). Iwu dị otú ahụ agaraghị emetụta Judas, bụ́ onye na-abụghị nwa Chineke.

N'ihi ya, isiokwu ọhụrụ dị n'akụkụ akwụkwọ ozi a (3:10a-23) metụtara iwu e nyere nanị ndị kwere ekwe, ọ bụkwa nanị onye a mụrụ ọzọ pụrụ imezu ya ma ọ bụ ghara imezu ya. E nyewo ha **ozi** a banyere ịhụnanya **site ná mmalite** nke ahụmahụ ha dị ka ndị Kraịst (tụlee 2:7).

**3:12.** Ihe atụ a ma ama nke ịkpọasị nwanne na nwanne bụ nke **Ken** na Ebèl (Jen 4:1-15). *Ken* bụ **nke ajọ onye ahụ**, n'echiche ahụ na ihe o mere sitere n'ike Setan kama ịbụ ihe ọ bụla metụtara Chineke (tulee 1 Jọn 3:8, 10b). Dika Jizos siri kwue, Setan "bu obụ-madu site na mbu," (Jọn 8:44). Ma a mụrụ Ken ọzọ bụ ajụjụ na-enweghị ike ịza site na ozi Baịbụl. Ma Jọn ji mmekọrịta anụ ahụ nke dị n'etiti Ken na Ebel mee ihe atụ nke mmekọrịta ime mmụọ dị n'etiti ụmụnna ndị Kraịst. Dịkwa nnọọ ka o kwere omume na otu nwanne ga-egbu nwanne ya nwoke n'ụzọ anụ ahụ, o kwere omume na otu Onye Kraịst ga-egbu onye Kraịst ọzọ. A naghị ele mpụ dị oke njọ dịka igbu ọchụ anya na Akwụkwọ

Nsọ Agba Ọhụrụ dị ka ihe Onye Kraịst na-agaghị emeli (tụlee. (1 Pita 4:15). Ọ bụrụ na Onye Kraịst egbuo mmadụ, ọ bụ mmetụta nke *onye ajọ omume* na-akpata ya.

Ihe ọzọ onyeozi ahụ kwuru na-egosi nke a. **Gịnị mere o ji gbuo ya? Ọ bụ n'ihi na ọrụ ya jọrọ njọ, ma nke nwanne ya ziri ezi.** N'ụzọ dị otú a, anyaụfụ ime mmụọ dugara n'igbu mmadụ mbụ n'akụkọ ihe mere eme nke mmadụ. Mgbe ọ bụla obi na-ama Ndị Kraịst ikpe n'ihi na omume ha megidere uche Chineke, ọ ga-adịrị ha mfe ịkpọ ndị ha maara na Chineke na-akwado asị.

**3:13.** Ọtụtụ na-ahụ amaokwu 13 dị ka nkọwa nke amaokwu 11-12, ma na-achọ ịhụ Ken dị ka ihe atụ nke ihe a pụrụ ịtụ anya ya n'aka ụwa, ma ọ bụ ihe na-agaghị ekwe omume nye nwanna nwoke Onye Kraịst. Ma ihe ndị gbara ya gburugburu na-ekpughe na nzube Jọn bụ iji ịhụnanya ụmụnna tụnyere ịkpọasị nke ụwa, na-egosi na mgbe ụfọdụ ọbụna ụmụnna na-akpa àgwà ka ụwa.

Ọ bụ ezie na ịkpọasị nwanne na nwanne ekwekọghị ma ọlị n'iwu Jizọs bụ "ịhụrịta ibe unu n'anya" n'ihi nke ahụ, o kwesịghị ịbụ ahụmahụ ndị kwere ekwe na-enwekarị, a pụghị ikwu otu ihe ahụ banyere **ụwa**. Ịkpọasị nke ụwa, dị ka Jizọs kụziri, *bụ* ihe a ga-atụ anya ya. Ọ bụ ezie na ọ pụrụ iju ndị na-agụ ya anya ịhụ ịkpọasị nke otu nwanna, a pụrụ ịtụ anya ịkpọasị nke ụwa.

**3:14.** okwu bụ́ **anyị** na-ezo aka n'ụzọ doro anya n'ndịozi. N'adịghị ka ụwa, ndịozi ahụ na-egosipụta ịhụnanya nye ndị kwere ekwe ndị ọzọ.

N'ezie, Jọn na-ekwu, **anyị** [ndịozi] **matara na anyị esitela n'ọnwụ baa na ndụ n'ihi na anyị na-ahụ ụmụnna anyị n'anya.** Nke a karịrị ikwu na ha hụrụ Ndị Kraịst ibe ha *n'anya*. Ọ bụkwa ihe na-egosi na mmadụ nwere ahụmahụ ụfọdụ. Ndịozi ahụ nwere ike ịghọta ahụmahụ ha nwere n'ịhụnanya dị ka ahụmahụ nke *ndụ* kama ịbụ *ọnwụ*.

Okwu ndị ahụ bụ *site n'ọnwu baa na ndu* apụtaghị na ndịozi ahụ ji n'aka na a ga-azọpụta ha ruo mgbe ebighị ebi n'ihi na ha hụrụ ụmụnna ha n'anya. Ọ dịghị ihe na-eme ka nke a bụrụ eziokwu nye ha ma ọ bụ Onye Kraịst ọ bụla ọzọ. Nkwenye nke nzọpụta na-adabere na akaebe nke Chineke (lee 5:9-13). Kama nke ahụ, n'iji okwu ahụ bụ́ *mara eme ihe* n'ụzọ zuru okè, Jọn na-ekwu na ya na ndịozi ibe ya *si n'ọnwụ banye ná ndụ* site n'ịhụ ụmụnna ha bụ́ Ndị Kraịst n'anya.

Ihe ọ pụtara bụ na a pụrụ ịmata ma ghọta mgbanwe *site n'ọnwụ ba na ndụ*, nke na-eme n'oge nzọpụta (Jọn 5:24), site n'ịhụnanya Ndị Kraịst.

N'ụzọ dị iche, **Onye nādighi-ahu [nwanne ya nwoke] n'anya nānọgide n'ọnwu**. Ọ dịghị ụzọ ọ bụla Onye Kraịst nke na-ahụghị *nwanna ya n'anya* pụrụ isi nweta ihe ọmụma ahụ Jọn kwuru okwu ya ozugbo, site n'ahụmahụ nke *ndụ*.

Kama nke ahụ, onye dị otú ahụ *na-anọgide* ("bi") *n'ọnwụ*. Ọ bụrụ na ịhụnanya bụ ahụmịhe nke "ndụ," Jọn na-ekwu, ịkpọ nwanne onye Kraịst asị bụ ahụmịhe nke *ọnwụ* (Ndị Rom 7:9-10).

N'ihi ya, ọ dịghị ihe ezi uche dị na ya a ga-ekwu megide echiche bụ́ na Onye Kraịst 'ịnọgide" *n'ọnwụ* n'echiche bụ́ na ya na Chineke adịghịzi ná mma. N'ụzọ dị nnọọ iche n'ihe e dere na 2:9 -11; 3:10, 12, ọ dịghị okwu Grik e ji mee ihe maka *ya* n'okwu ahụ bụ́ nwanne *ya*. Ya mere, okwu ahụ dị n'amaokwu nke 14 pụrụ ịpụta ọ bụghị nanị Ndị Kraịst pụrụ ịkpọ otu nwanna nwoke bụ́ Onye Kraịst asị, kamakwa onye ọ bụla ọzọ pụrụ ịkpọ nwanna nwoke dị otú ahụ asị. Ọ dịghị ihe o mere ma ọ bụrụ na ọ bụghị onye ahụ na-eme ya. Ịkpọasị nke Onye Kraịst na-enwe bụ ahụmahụ e nwere n'ógbè *ọnwụ.*

**3:15.** Ịkpọ **nwanne** gị asị bụkwa ahụmahụ nke igbu ọchụ. Onye **kpọrọ nwanna ya** onye Kraịst asị adịghị iche n'ezie n'ebe Ken nọ (tulee amaokwu 12), ọ bụ ezie na o nwere ike ọ gaghị egbu nwanne ya n'ụzọ anụ ahụ. Mmụọ nke ịkpọasị bụ na nwanna nwoke chọrọ ka 'iwepụ' nwanne ya nwoke, ọ gaghịkwa echebara ya echiche ma ọ bụrụ na ọ nwụọ.

Jọn ekwughị (dị ka NIV si sụgharịa ya), "Ọ dịghị ogbu mmadụ nwere ndụ ebighị ebi n'ime ya". NKJV (na NAS) ka mma ịsụgharị Grik dị ka **ọ dighi oḅu-madu ọ bula nwere ndu ebighi-ebi nādigide nime ya.** Isi ihe dị na ya bụ echiche nke "ịnọgidesi ike n'ihe". Ọzọkwa, echiche Jọn banyere ịnọgidesi ike bụ mgbe niile na ọ bụ mmekọrịta n'etiti mmadụ abụọ, dịka Jizọs kwuru; "Nọgidenụ n'ime m, mụ onwe m n'ime unu" (Jọn 15:4; lee 1 Jọn 2:27). Ebe Kraist n'onwe ya bu ndu ebighi ebi (tulee 5:20), ikwu na mmadu enweghi ndu ebighi ebi n'ime ya bu ikwu na *o nweghi Kraist n'ime ya.*

2. Ihe Ịhụnanya Bụ (3:16-18)

**3:16.** A pụrụ ịmata ịhụnanya ndị Kraịst site n'otú o si kwekọọ n'ụkpụrụ kasịnụ nke Kraịst setịpụrụ site n'ọnwụ o nwụrụ **n'ihi anyị.** Ọ bụ ezie na Kraist nwụrụ maka ụwa dum (2:2), mgbe onye kwere ekwe na-atụle ọrụ ya banyere ịhụnanya, o kwesịrị ilekwasị anya n'eziokwu ahụ bụ na ọ bụ maka ya ka Kraist nwụrụ. Dị ka ndị natara uru nke àjà ya dị ukwuu, ndị kwere ekwe kwesịrị ịdị njikere ịchụ àjà yiri nke ahụ **maka ụmụnna ha**.

Okwu ndị ahụ bụ **anyị maara** dị n'ụdị nke oge zuru okè, na-egosi ọnọdụ nke ihe omume ma ọ bụ omume gara aga kpatara. Ozugbo onye Kraịst ghọtara ịhụnanya Kraịst nwere n'ebe ọ nọ, ọ matawo n'ụzọ doro anya ihe *ịhụnanya* Ndị Kraịst bụ.

**3:17**. Mgbe ụfọdụ ọ na-adị mfe ikwupụta ịdị njikere ịnwụ n'ihi nwanne mmadụ karịa inyere ya aka n'oge mkpa ya. N'ihi ya, Jọn chọrọ ịnwale eziokwu

nke ịhụnanya Onye Kraịst nwere n'ebe nwanne ya nọ site n'inye ihe atụ nke yiri ka ọ ga-eme karịa ohere nke ịnwụ n'ihi nwanne ya.

N'amaokwu nke 16, okwu Grik maka "ndụ" bụ *psyche*. N'amaokwu nke 17 Jọn ji okwu Grik ọzọ maka "ndụ" (*bios*, ndụ anụ ahụ na/ma ọ bụ nke ihe onwunwe ya), N'ihi ya amaokwu ahụ ji kwuo banyere **ihe onwunwe**. A pụkwara ịsị; "**ma onye nwere *ndụ* nke ụwa a!**" Echiche ya bụ na ịkekọrịta ihe ndị na-akwado ndụ ndị Kraịst ibe anyị bụ n'ezie otu ụzọ isi nye ndụ anyị n'ihi ha.

Otú ọ dị, ọ bụrụ na, kama ime nke a, Onye Kraịst ***emechie obi ya*** n'ebe nwanna ya nọ ná mkpa nọ, nke a na-ekwu banyere mmekọrịta ya na Chineke.

Onye Kraịst nke na-adịghị enwe ọmịiko otú ahụ adịghị enweta ahụmahụ dị mkpa nke *ịhụnanya* Chineke. Ajụjụ Jọn na-ajụ n'ụzọ na-akpasu echiche**, olee otú ịhụnanya Chineke si ebiri n'ime ya?** nanị ihe ọ pụtara bụ na *ịhụnanya* Chineke adịghị *ebi n'ime ya*. Onye Kraịst ahụ na-enweghị ọmịiko adịghị eje ije dị ka Onye-nwe ya jere (lee 2:6) ma si otú a ghara ibi ndụ na-adịgide adịgide.

**3:18.** Ndị na-agụ ya ekwesịghị iche na ha egosipụtawo ịhụnanya ma ọ bụrụ na ngosipụta ahụ bụ nanị okwu ọnụ (**n'okwu**), na-agụnye nanị **ire**. Ezi ịhụnanya chọrọ ime ihe (**n'omume**) na ime ihe kwekọrọ **n'eziokwu** ahụ. Mgbe Jọn sịrị *n'eziokwu*, ihe ọ na-ekwu bụ na Ndị Kraịst kwesịrị ịhụ ibe ha n'anya otú ahụ Kraịst si hụ ha n'anya (tulee amaokwu nke 16).

3. Ihe Ịhụnanya Na-emere Ndị Kwere Ekwe (3:19-23)

**3:19.** Isi okwu n'ebe a abụghị mmadụ ijide n'aka na a ga-azọpụta ya, kama ọ bụ ma onye ahụ ọ̀ na-ebi ndụ n'eziokwu ahụ site n'igosipụta ịhụnanya Ndị Kraịst. Onye kwere ekwe na Kraịst pụrụ ịjụ onwe ya, sị, 'M̀ na-ahụ ndị ọzọ n'anya dị ka Kraịst si hụ ha n'anya? M̀ na-eme nke ahụ n'eziokwu?

Okwu ndị ahụ **bụ nke eziokwu** bụ ntugharị nke ndụmọdụ nke amaokwu nke 18 na ndị kwere ekwe ga-eji "ọlu na ezi-okwu" hụ n'anya. Okwu mmalite ahụ bụ **Ma site na nke a** na-ezo aka n'amaokwu nke 18, ma ha bụ otu ihe ahụ dị ka **Ma site n'ime nke a** (ya bụ, site n'ịhụ n'anya n'omume na eziokwu). Mgbe ndị kwere ekwe ji ịhụnanya na-arụ ọlu ndị na-egosipụta *eziokwu* banyere ịhụnanya dị ka e kpughere ya n'ime Kraịst, ha pụrụ ịmata na ha *sitere n'eziokwu ahụ*.

Ọ bụrụ na Onye Kraịst enwee obi abụọ ma ọ̀ ga-enwe ike igosi ụmụnna ya ịhụnanya Ndị Kraịst, ihe ọ na-eme n'ezie bụ inwe obi abụọ ma ọ̀ ga-enwe ike ịghọta, ma ọ bụ ikere òkè *n'eziokwu ahụ* e kpughere n'ime Kraịst banyere ụdị

ịhụnanya ahụ. Ọ pụrụ inwe obi amamikpe n'ihi ihe ndị o mehiere n'oge gara aga ma ọ bụ ọ pụrụ inwe mmetụta siri ike nke ịbụ onye na-erughị eru, ma site n'ime ihe n'ịhụnanya dị ka amaokwu nke 18 si enye ntụziaka, ọ pụrụ n'ezie ịmara na site n'omume ndị dị otú ahụ, *ọ na-ekere òkè* n'eziokwu ahụ - ya bụ, ọ *bụ nke eziokwu ahụ*. Ụzọ ọzọ a pụrụ isi kwuo nke a bụ na site n'ịhụ n'anya n'ụzọ dị otú ahụ, mmadụ pụrụ ịmara na ihe ndị ọ na-eme *sitere* n'eziokwu ahụ.

Okwu ndị na-eso, **na-eme kwa ka obi-ayi kwenye ekwenye n'iru Ya**, ka mma iji okwu nke amaokwu na-esonụ mee ihe.

**3:20.** NKJV na-emehie emehie na-emeso amaokwu a dị ka ahịrịokwu dị iche n'ihi na ọ hapụrụ ikwughachi okwu Grik mbụ  bụ hoti (**N'ihi**). Ma hoti ka a na-ekwughachi n'asụsụ Grik n'ihu nkebi ahịrịokwu ahụ nke na-amalite (n'asụsụ Bekee) site na ***Chineke ka ukwuu*** ma a sụgharịghị ya na NKJV. Nsụgharị ahụ kwesịrị ijikọta ya na nkebi ahịrịokwu ikpeazụ nke amaokwu 19 ma  ọ ga-adịkwa otú a, "anyị ga-emekwa ka obi sie [ma ọ bụ, kwenye *peisomai*] anyị ike n'ihu Ya na [hoti] ọ bụrụ na obi anyị ama anyị ikpe, na [hoti] Chineke karịrị obi anyị, marakwa ihe nile."  Site n'ime ihe n'ọrụ nke ịhụnanya ("site na nke a,"  v 19), ndị kwere ekwe nwere ike ịmata na ha bụ  "nke eziokwu."  Ma site n'ime otú ahụ, ha pụkwara ime ka obi ha nke na-ama ha ikpe dajụọ.

Mgbe ndị kwere ekwe hụrụ n'anya  "ọlu na ezi-okwu", ha kwesịrị ijide n'aka [kwenye] na Chineke ka obi ha ukwuu na ọ maara nke ọma ịhụnanya ha gosipụtara n'ọrụ ha.

Mgbe ndị kwere ekwe na-abịaru ocheeze nke amara nke Chineke n'ekpere, ka ha tụkwasị Chineke obi n'ịmara (ọ bụrụgodi na **obi anyị** amaghị). ihe *ha mere n'ezie* n'ịhụnanya.

**3:21.** Ka ndị kwere ekwe na-abịa n'ihu Chineke, Ikekwe, obi ha **adịghị ama** ha **ikpe** n'ihi na ha anaghị egosi ịhụnanya Ndị Kraịst. Nke a pụrụ ịbụ n'ihi na obi ha na-anabata n'ụzọ dị mfe eziokwu ahụ bú na Chineke na-ahụ ịhụnanya ha gosipụtara "n'ọlu na ezi-okwu" (tulee 18), ma ọ bụ n'ihi na ha "kpaliri" ya ime otú ahụ (amaokwu 19). N'ọnọdụ ọ bụla, ihe ga-esi na ya pụta bụ **nkwuwa-okwu n'ebe Chineke nọ.**

Okwu maka nkwuwa-okwu (*parrēsia*) bụ otu okwu ahụ e ji mee ihe na 2:28 (inwe "*nkwuwa-okwu,*  pua n'iru Ya n'ọbibia-Ya" ). O doro anya na, ọ bụrụ na ndị kwere ekwe enweghị nkwuwa-okwu n'ihu Chineke mgbe ha na-egbu ikpere n'ala n'ekpere (amaokwu nke 22), ọbụna ọ gaghị abụ ihe a ga-atụ anya ya na ha ga-enwe nkwuwa-okwu dị otú ahụ *n'ọbịbịa Ya.*

**3:22**. Dị ka okwu ndị ahụ e wusiri ike bụ "n'ihu Ya" n'amaokwu nke 19 gosipụtara, Jọn nọ na-eche n'ihe a na-ekwu banyere "nkwuwa-okwu" *n'ekpere*.

(Ọ ga-alaghachi n'isiokwu a ọzọ na 5:14-17.) N'ezie, ọ bụrụ na anyị nwee nkwuwa okwu n'ekpere, Ọ ga-anụ ekpere anyị. N'ihi ya, **ihe ọ bụla anyị rịọrọ ya, anyị na-enweta ya n'aka ya**. Ihe mere e ji aza ụdị ekpere a bụ n'ihi ihe abụọ: **n'ihi na** (1) **ayi nēdebe ihe nile Ọ nyere n'iwu**, (2) [anyị] **nēme kwa ihe nile nātọ utọ n'iru Ya**.

Onye Kraịst nke na-agbalịsi ike ime ihe na-atọ Chineke ụtọ agaghịkwa *arịọ* ihe ndị na-adịghị *atọ Ya ụtọ*. Ya mere, mgbe ekpere sitere n'obi onye ihe Chineke na-eme na ndụ ya bụ isi, mgbe ahụ ihe ọ bụla ọ rịọrọ Chineke ka ọ ga-enweta n'aka Ya n'ihi na ọ na-arịọ "dị ka uche Ya si dị" (5:14).

**3:23.** Jọn mechiri ngalaba a (v 19-23), ya na ngalaba nke buru ibu (3:10b-23), site na nchịkọta nke ihe ọ pụtara "idebe iwu ya na ime ihe nile nātọ utọ n'iru Ya" (v 22). Na nke a bụ nchịkọta n'ezie ka a na-ahụ site na mgbanwe doro anya site n'ụbara "iwu" (v 22) gaa n'iwu nke mkpọolu. Ekpere a zara (lee amaokwu 22) nwere ntọala ya n'ịgbaso iwu a.

*Iwu a* nwere akụkụ abụọ. Nke mbụ n'ime ha **bụ ka ayi kwere n'aha nke Ọkpara-Ya Jisus Kraist**. Jọn jikọtara okwukwe na ịhụnanya dị ka otu iwu maka ndị Kraịst. Okwukwe *n'aha Ọkpara Ya bú Jizọs Kraịst* na-enye ndị nile kwere ekwe ndụ ma na-ele ndị kwere ekwe ibe ha anya dị ka ụmụnna ha ndị nwoke ma ọ bụ ndị nwanyị. Mmekọrịta a na-enye ha ihe kwesịrị ekwesị ha ga-eji gosi ịhụnanya ha mgbe a gwara anyị ka anyị **hurita kwa onwe-ayi n'anya**. *Ikwere n'aha Ọkpara Chineke* bụ ihe a chọrọ, na akụkụ dị oké mkpa nke ịhụ *ibe anyị* n'anya.

Okwu mmechi nke amaokwu ahụ, **dịka O nyere anyị iwu**, na-ezo aka na Jizọs onye iwu ahụ nke ịhụrịta ibe anyị n'anya si n'aka ya bịa (Jọn 13:34). Amaokwu ahụ kwesịrị ịgụ, na anyị *kwesịrị ikwere n'aha Ọkpara Ya* [Chineke] *Jizọs Kraịst ma hụrịta ibe anyịn'anya dị ka [*Ọkpara Ya*] O nyere anyị iwu.* Ya mere, a pụrụ ichikota uche Chineke dị ka okwukwe n'aha Ọkpara Ya na nrubeisi n'iwu nke Ọkpara Ya.

D. Site n'Ịmụta Ịhụ Chineke nke Ịhụnanya (3:24 - 4:16)

1. O doro anya na Chineke bi n'ime anyị (3:24)

**3:24.** Onye **nēdebe kwa ihe nile O nyere n'iwu nānọgide nime Ya**, ma na mgbakwunye, **Ya onwe-ya** nānọgide kwa **n'ime ya** (onye kwere ekwe na-erube isi). Chineke bi n'ime onye kwere ekwe nke na-erubere Ya isi (tulee. Jọn 14:23) Inwe ahụmahụ dị otú ahụ n'ebe Chineke nọ bụ ụdị mkpakọrịta kasị

elu nke anyị na Ya nwere. Jọn kwuru site ná mmalite na nke a bụ nzube nke akwụkwọ ozi ya (tulee 1:3).

Ọ bụ ezie na e zoro aka na **Mmụọ Nsọ** n'okpuru akara nke "mmecha," A kpọtụrụ ya aha ugbu a kpọmkwem. Ọ bụrụ na Chineke **bi n'ime anyị** n'ezie, anyị pụrụ ịmata nke a **site na Mmụọ**... **nke o nyere anyị**.

2. Ịmata Mmụọ Chineke (4:1-6)

**4:1**. Setan nwere ọtụtụ **mmụọ** na-ejere ya ozi n'ebe a, dị ka eziokwu ahụ na-egosi **na ọtụtụ ndị amụma ụgha apụọla n'ụwa**.

N'amaokwu nke 1-2 O yiri ka Jọn ọ̀ na-eji okwu ahụ bụ́ "mmụọ" eme ihe n'ụzọ na-enye ohere maka inwe ihe dị iche iche ọ pụtara. Okwu ahụ n'onwe ya pụrụ izo aka ná mmụọ mmadụ, ndị mmụọ karịrị ike mmadụ dị ka ndị mmụọ ọjọọ, ma ọ bụ n'àgwà ma ọ bụ omume. Jọn anaghị anwa ikwu kpọmkwem; ọ na-adọ aka ná ntị megide mmụọ ọjọọ ọ bụla nke Setan, mmụọ ọ bụla nke mmadụ nke na-aghọ onye nnọchianya ya, nakwa ngosipụta ọ bụla nke "mmụọ nke njehie" (lee amaokwu 6) nke na-akọwa ozizi Setan.

A ga-anwale ndị amụma ụgha "site na mkpụrụ ha" (tulee Matiu 7:16, 20) N'adịghị ka nkọwa a ma ama, nke a apụtaghị na a ga-anwale ha site n'ọrụ ha. Kama nke ahụ, dị ka 12:33-37 na-egosi, mkpụrụ ha bụ okwu *ha!* Ha na-eyi atụrụ ma n'ezie ha bụ "nkịta ọhịa na-eripịa ihe" (7:15). Omume ha adịghị eme ka ha pụọ iche n'ebe atụrụ nọ, ma *ozi ha na-ezi* na-eme otú ahụ!

**4:2**. Ụzọ e si anwale **mmụọ ọ bụla** bụ ịhụ ma ọ̀ dị njikere ma ọ bụ na ọ chọghị (lee amaokwu nke 3) ikwu na **Jizọs Kraịst** bịara n'ụdị mmadụ. Okwu ndị ahụ bụ **site na nke a ka ị ga-eji mara** na-ezo aka n'azụ ma pụta, "Nke a bụ otu (ya bụ, site n'inyocha mmụọ) ị ga-esi mara mmụọ nke Chineke." Nkwụsị ahịrịokwu zuru ezu, kama iji akara abụọ (:), kwesịrị ịgbaso nkwupụta ahụ, na okwu ọ bụla *mmụọ* na-amalite ahịrịokwu ọhụrụ.

Na nghọta a amaokwu 2b-3 na-enye ule nke a ga-eji mata Mmụọ Chineke. Amaokwu nke 1-2a na-ekwusi ike na ọ bụ naanị ndị dị njikere ịnwale mmụọ ga-enwe ike ịmata Mmụọ Chineke. Ọ bụrụ na ha "ekwere mmụọ ọ bụla" ha agaghị ama n'ezie nke n'ime ha bụ nke Chineke.

Njikọta okwu ahụ bụ **Mmụọ Chineke** na **mmụọ ọ bụla nke na-ekwupụta** na-egosi n'ụzọ doro anya ebumnuche ijikọta Mmụọ Nsọ na *mmụọ mmadụ* ọ bụla nke kwetara n'eziokwu a.

Otú ọzọ e nwere ike isi sụgharịa okwu ahụ bụ́ na **Jizọs Kraịst abiawo n'anu-aru** bụ: "Mmụọ ọ bụla nke na-ekwupụta na Jizọs bụ Kraịst bịara n'anụ ahụ". Ihe Jọn lekwasịrị anya n'ozizi okpukpe ya bụ na a ga-amata *Jizọs* dị ka

*Kraịst*. Ndị Ndozigharị nwere ike ijidesi ozizi ahụ ike na *Jizọs* bụ mmadụ nkịtị nakwa na *Kraịst* nke Chineke bụ onye na-enweghị ahụ, mmụọ nke rịdatara n'elu Ya na baptism Ya, ma si n'ebe Ọ nọ pụọ tupu Ọ nwụọ.

**4:3**. N'adịghị ka "Mmụọ ọ bụla nke na-ekwupụta" Kraịst bụ **mmụọ ọ bula nke nādighi-ekwuputa**...**Jizọs** [dị ka] **Kraịst bịara n'anụ ahụ**. mmụọ dị otú ahụ na-egosipụta **mmụọ nke onye ahụ na-emegide Kraịst.**

Jọn *ekwughị mmụọ ọ bụla nke na-agọnahụ*, kama *mmụọ ọ bula nke nādighi-ekwuputa.* Ozizi na-ezighị ezi pụrụ ikpuchi ókè ha kpafuru site n'eziokwu ahụ site n'ịghara ikwupụta eziokwu ụfọdụ bú isi dị na Baịbụl.

**4:4**. Ndị na-agụ akwụkwọ Jọn nwere ike ime mmụọ ma nwee ike iguzogide ndị na-emegide Kraịst nke ọma (lee. 2:12-14, 20-21). Ihe mere ndị na-agụ akwụkwọ ji merie bụ na ha nwere Mmụọ Nsọ, onye nọ n'ime ha dịka Ọ nọ na Ndị Kraịst niile (tulee. 3:24; Rom 8:9) Ọ bụ kpọmkwem **n'ihi na Ọ** (Mmụọ Chineke)...**dị ukwuu karịa ya** (Setan) nke nọ n'ụwa, Ọ ga-ekwe omume imeri ụgha na aghụghọ nke ụwa.

**4:5.** A na-ele ndị na-emegide Kraịst, ma ọ bụ ndị Ndozigharị, anya n'ụzọ dị nnọọ iche n'ebe ndị na-agụ akwụkwọ a nọ. Ebe ndị na-agụ akwụkwọ bụ "ndị nke Chineke," ndị Ndozigharị bụ **nke ụwa** ma na-eguzogide Ya [Chineke] (lee nkọwa na 2:15-16). **Ha na-ekwu okwu dị ka ndị nke ụwa** n'echiche bú na ozi ha bụ nke ụwa n'ihe ha na-ekwu nakwa n'otú ha si ele ihe anya. Ọ bụghị ihe ijuanya na **ụwa na-anụ olu ha.** Ozizi ụgha na-adọrọ mmasị ndị ụwa karịa ezi ozizi Ndị Kraịst.

**4:6**. N'amaokwu 4-6 enwere nnọchiaha atọ na-emegiderịta onwe ha, "Unu Ha–Anyị." "Unu" na-ezo aka na ndị na-agụ akwụkwọ, "Ha" na-ezo aka na ndị Ndozigharị, na Anyị na-ezo aka na ndịozi. N'echiche zuru ezu, ndịozi ahụ sitere n'aka Chineke n'ihi na ozizi ha sitere kpọmkwem n'aka Ya.

Ya mere, ha pụrụ ikwusi ike na **Onye ahụ maara Chineke na-anụ** ("na-ege ntị") **anyị**. Dị ka e kwuru n'amaokwu 2:3 (lee 2:13-14), n'ime akwụkwọ ozi a, echiche nke "ịmara" Chineke na-egosi ọganihu karịa ịbụ nwa ọhụrụ n'ụzọ ime mmụọ (tulee nkọwa na amaokwu nke 7). Ihe e ji ama Onye Kraịst tozuru okè bụ na ọ na-anabata ozizi ndịozi.

Nke a na-egosi na **onye nēsighi na Chineke puta adighi-anu** (gee ntị) **olu-ayi**. Ọ pụrụ ịbụ na Jọn na-eche banyere onye ọ bụla nke na-ejighịzi **Chineke** kpọrọ ihe dị ka ụdị onye na-ajụ ikike na ozizi ndịozi. Onye ahụ pụrụ ịbụ onye kwere ekwe ma ọ bụ onye na-ekweghị ekwe.

Okwu ndịa a**nyị si otú a mara** pụrụ izo aka n'ebe ndịozi nọ, ndị bụ isiokwu nke nkwupụta ndị bu ụzọ n'amaokwu a. Ndịozi ahụ nwere ike ịmata ọdịiche dị n'etiti **mmụọ nke eziokwu na mmụọ nke njehie** na-adabere n'otú mmụọ nke ọ bụla si edo onwe ya n'okpuru eziokwu nke ndịozi ma ọ bụ na ọ dịghị otú ahụ. Jọn katọrọ ndị na-agbanwe nkà mmụta okwukwe dịka "ndị amụma ụgha" ndị bụ "nke ụwa" (v 1-3, 5).

3. Ịmata na Chineke Nọ n'Ime Anyị (4:7-16)

**4:7.** Ugbu a, onyeozi ahụ ahapụwo mkparịta ụka ya banyere ọtụtụ ndị mmụọ ụgha bụ́ ndị 'gaworo n'ime ụwa' iji rata Ndị Kraịst n'echiche nke ụwa. E kwesịrị ịjụ ihe ndị a ka ndị na-agụ ha wee nwee ike ilekwasị anya **n'ịhụ ibe ha n'anya**.

Ọ bụrụ na ndị na-agụ ya erube isi n'iwu ahụ e nyere ka ha na-ahụrịta ibe ha n'anya, ha ga na-arụ ọrụ pụrụ iche nke sitere n'aka Nna ha nke eluigwe. Ihe mere o ji dị otú ahụ bụ na **ịhụnanya** n'onwe ya **sitere na Chineke**.

N'ihi ya, a pụrụ ikwu ihe abụọ banyere **onye ọ bụla nke na-ahụ n'anya**: (1) **Chineke mụrụ** onye dị otú ahụ, (2) **ọ makwaara Chineke**. Jọn na-ele echiche ndị a anya dị ka ihe abụọ dị iche, n'ihi na ọ na-ekwu n'amaokwu nke asaatọ na "Onye nādighi-ahu n'anya amaghi Chineke." Ọ gaara adịrịrị mfe ịsị, "Onye na-adịghị ahụ n'anya *esiteghị na Chineke*, ọ maghịkwa Chineke" n'ụzọ megidere ihe e kwuru n'amaokwu nke asaa. Ma nke a bụ kpọmkwem *ihe a na-apụghị ikwu*. Jọn ekwuola banyere onye "na-akpọ nwanne *ya* asị," nke bụ ihe na-agaghị ekwe omume maka onye na-abụghị Onye Kraịst ebe ọ bụ na Onye Kraịst abụghị nwanne *ya* (lee 2:11; 3:10b; 3:15; 4:20). Ndị na-akụzi na Onye Kraịst *apụghị* ịkpọ Onye Kraịst ibe ya asị na-akụzi ihe na-abụghị eziokwu.

**4:8.** Ma ebe ọ bụ na onye Kraịst a mụrụ ọzọ nwere ike ọ gaghịzi ahụ ndị ọzọ n'anya. Ọ bụrụ na **o nweghị ịhụnanya**, ọ na-egosi na **ọ maghị** Nna ya nke eluigwe n'ezie ( tulee 2:3). **Chineke** nke mụrụ ya **bụ ịhụnanya.**

